Nze na Ọzọ

# ECHI DỊ IME

Walter Chukwuma Eneore

Macmillan Nigeria

© Walter Chukwuma Eneore 1979

All rights reserved. No part of this
publication may be reproduced or transmitted, in any
form or by any means, without permission.

First published 1979

Published by
MACMILLAN NIGERIA PUBLISHERS LTD
Ilupeju Industrial Estate,
P.O. Box 264, Yaba, Lagos
P.O. Box 1463, Ibadan
P.O. Box 390, Onitsha.

Companies and representatives throughout the world

ISBN 978 132 519 4

Filmset by Keyspools Ltd, Golborne, Lancs.

# Ndị so n'Egwuregwu a.

| | |
|---|---|
| **Odenigbo:** | Nna Onyema na Egondụ |
| **Ụgbọakụ:** | Ọriakụ ya |
| **Nwandanda:** | Ada nne Odenigbo |
| **Iwunze:** | Nwanne Odenigbo |
| **Osuji:** | Nwanne Odenigbo |
| **Ugodie:** | Nwanne Ụgbọakụ |
| **Egondụ:** | Ụmụ Odenigbo |
| **Onyema:** | |
| **Ọji:** | |
| **Nevo:** | Onye Ọkụkọ |
| **Chief Nwosu:** | Eze, Egondụ gbagara be ya |
| **Ekemma:** | Ọriakụ ya |
| **Chinyere:** | Ada Chief Nwosu |
| **Ugonne:** | Ada nne Chief Nwosu |
| **Court Clerk William:** | Onye ọkọwa okwu |
| **Okoro:** | Ote nkwụ |
| **Obilọ:** | Onye ahịa ire mmadụ |
| **Chief Mberedeọgụ:** | Eze Ụmụọkpara |
| **Uzọma:** | Ọriakụ ya |
| **Igboji:** | Ndị oje ozi Chief Mberedeọgụ |
| **Okereke:** | |
| **Ibe:** | |
| **Nweze:** | Ụmụnne na-azọ ọzọ nna ha |
| **Akụnebu:** | |
| **Chienye:** | Nwanyị mmanya |
| **Ude:** | Ndị enyi Ọjị |
| **Odumodu:** | |
| **Agụ:** | |
| **Ekenta:** | |
| **Nnenna:** | Enyi nwanyị Ọjị |
| **Unọma:** | Enyi Nnenna |
| **Igwe:** | Ndị Ichie |
| **Ụbadọgụ:** | |

Foreword

# Nkọwapụta

Ndị Igbo tụrụ ilu okwu wee sị, n'ehi e nweghị ọdụdụ, na ọ bụ chi ya na-achụrụ ya ijiji.

1. A na-ekwukwa sị onye akọla ụbọchị ọnụ ma chi e jighị maka n'ejighị ụtụtụ wee na-ama njọ ahịa.

2. Ọnwụ egbughị ji e jiri chụ aja, e mechaa ọ ga-epu ome.

3. A chụkata nwa ogbenye ọsọ a chụgaruo ya be chi ya.

ECHI DỊ IME bụ akụkọ banyere otu nwoke a na-akpọ Odenigbo. Odenigbo nwere nwunye abụọ. Nke mbụ bụ Nkụwịị a nwụọla wee hapụ ụmụ abụọ bụ Egondụ na Onyema. Nke abụọ bụ Ụgbọaku mụtara nanị otu nwa nwoke a na-akpọ Ọji.

4. Etu ihe sị a dị, a sị onye na-anọghị a gụpụ ji ya n'ọkụ.

5. Ụgbọakụ wee bido megbube Onyema na Egondụ nke ọjọọ, mebe ha ihe n'ụdị ha ga-eji anya ha wee hụ ntị ha, wee chibe ha imi na ọnụ n'ala. N'ikpeazụ, ụmụaka abụọ ndị a mechara ghọọ ụmụ chi na-emere ihe wee bụrụ ndị e ji ama atụ n'obodo maka n'onweghị onye ma etu mmiri sị abanye opi ugbọgiri. Ka ya bụ ọnwụ na-egbuzighị ka a rụrụ aka, maka ekwuru sị, n'onye chi ya na-egbubeghị anaghị a nwụnyụ anya, ọnụ ahụ kwuru njọ wee bido ikwu mma.

Ugbogiri = like cantelope
cook -
eat w/yam

## Emume Mbụ

# NKEJI MBỤ

*(N'ụnọ Chief Odenigbo)*

**Odenigbo:** *(Odenigbo nọ n'elu akwa ya wee na-akpọ anwụrụ ụtụtụ)*

**Ụgbọakụ:** *(A gaa wee nyoo anya n'ọnụ ụzọ ebe di ya nọ)*
Odenigbo, hia! Kedụ nke ị nọ rue ugbu a, ndị nkwụ ụtụtụ na-alọghachi azụ ma Odenigbo ebilitebeghị n'ụra.

**Odenigbo:** O-O-Oya! O bụ gịnị bụ nke a? Ụgbọakụ, kedụ isi ihe a ịchọrọ ime n'ụtụtụ a? Kedụ nke bụ iji isi ụtụtụ otu a wee tikube Odenigbo ka a ga-asị n'onwere ihe mere. A zọgburu m ọkụkọ gị?

**Ụgbọakụ:** Nna anyị biko e wela iwe. E chere m na-ibilitego.

**Odenigbo:** Hai! Makwara onwe gị-o!

**Ụgbọakụ:** Nna anyị biko o nwere ihe m chọrọ ị gwa gị.

**Odenigbo:** Kedụ ihe ọ bụ?

**Ụgbọakụ:** Ihe m chọrọ ị gwa gị bụ ihe banyere ụmụ nwunye di m abụọ ndị a – Onyema na Egondụ.

**Odenigbo:** Gịnị ka ha mere? Kwube ọsọ ọsọ maka na o nwere ebe mụ na Igwebụike ga-aga.

**Ụgbọakụ:** Ị hụkwara Onyema na Egondụ? Ha abụọ bụrụ anyị ọgwụ dị n'azụ. A hụbeghị m ụmụaka dị otu a eri m pụtara ụwa. Ị ma n'eri nne ha bụ Nkụwiị nwụrụ, na ụmụaka a bidoro kpaba agwa ka anụ ọhịa. A na m ekwudị gịnị? Anụ ọhịa ka ha mma ọgụ ugboro.

**Odenigbo:** Nt̩i m ghere oghe. Ihe m chọkwaranụ bụ ka ị gwa m hoo haa ihe ha mere ma ọ bụ ihe ha na-eme anụ ohịa jiri kara ha mma. Ọ dịkwa mma, mmadụ sị n'ihe na-enu inu, ya kwu e ihe ọ na-enu ka ya.

**Ụgbọakụ:** Ị na-achọ ị gwa m na-ịmabeghị n'ụmụaka agbara ajọ azụ? Ya bụ na-ịmabeghị n'oge e ruola mgbe ị ga-eji mata na ọ bụ nanị Ọjị nwa m bụ nwa i nwere; n'ụmụaka ndị a nwunye di m mụrụ bụ nanị ewu? Alo m chọrọ ị tụrụ gị bụ ka a chọbara Egondụ di ozigbo, na ka eree Onyema, were ego a ga-ereta n'isi ya, wee hụ na-azụpụtara Ọjị nwa gị nke ọma. A hụgo m n'Onyema na Egondụ na-akpa agwa nne ha nwụrụ anwụ.

**Odenigbo:** Achọghị m ka ị na-echetara m Nkụwịị bụ isi nwunye m. Anụgo m ihe i kwuru. E guzo tụọ akpịrị, isi akụwaa. A ga m ezi ozi ka Obilọ bịa, ka akpọnye ya Onyema ka o ree, ebe anyị ga-ebido ozigbo chọbara Egondụ di, o bụrụ ikwakanyere ya Egondụ. Isi nwa jọọ njọ ụka, ejiri ọdụ nwa mee isi nwa.

**Ụgbọakụ:** Ọ dị mma. Anyị ga-etinye anya na mmiri wee sobe ihe a, maka na ọ ka mma ijiri ehihie wee chọba ewu ojii, maka na chi ji e, ha nile aghọọ ọchịchịrị.

Ka m gaa n'azụ ụnọ kpatara ewu nri.

*(N'azụ ụnọ Odenigbo)*

*(Egondụ ga-anọ na-azụ ụnọ be ha wee na-eti akụ, na-ata, na-akwa ụwa ya. Onyema wee bịakwute ya.)*

**Onyema:** Egondụ, a gwago m gị ka ịrapụ ụdị

akwa a ị na-aga ebebe oge nile. O nweghị ihe ibe akwa ga-egbo. Akwa apụghị izọpụta anyị n'ime ọkụ mmụọ anyị nọ n'ime ya, eri nne anyị nwụrụ.

**Egondụ:** Kedụkwanụ ihe anyị ga-eme? Ị hụgo n'eri abalị atọ taa, n'ihe ọkụ gburu a babeghị m ọnụ. Ewo, ihe ọnwụ na-eme! Ihe ọnwụ na-eme! Ọ bụrụ na nne anyị nọ ndụ taa. . . . (Anya mmiri e bido pụtaba ya n'anya)

**Onyema:** Anyị ga-achọba ihe anyị ga-eme. Otu ihe kara m obi bụ n'ehi e nweghị ọdụdụ, ọ bụ chi ya na-achụrụ ya ijiji.

**Egondụ:** Ọ bụkwa nụ ginwa bụ nwoke ka ebere na-emere m. Ebe m bụ nwanyị o sie ike nke na a hụkwaghị onye akọọrọ, m nwere ike gbapụ, ga-gbakwuru otu nwoke. Ka anyị gbazia mbọ mara ihe a ga-eme maka ginwa maka na nanị osisi ka a gwara na a ga-egbutu ya, ọ kwụrụ ebe ọkwụ, ma na ọbụrụ mmadụ . . . Ị hụgọ n'ihe Ụgbọakụ, nwunye nna anyị, na-achọ ime, bụ igbu anyị etu o siri wee gbu nne anyị.

**Onyema:** N'uche m, a ga m asị ka igbaga ikwunne anyị, ka mụnwa gaa na nke enyi m, Amadị, ka mụ na ya na-egbukọ ugbo.

*(Ka Onyema na Egondu nọ na-etinye ọnụ n'ihe ha ga-eme, Ụgbọakụ abakwute ha na ntụmade)*

**Ụgbọakụ:** Oho! Oho! Ndị ori a! Ebe a ka unu nọ wee na-agba izu ori unu ga-ezu. Ụmụ ewu! *(O buru osisi ka ọ kuọ ha)* Rapunu! Ọ ga-adị unu etu ọ dịrị nne unu. *(Ha nile wee gbapụ)*

Scene 2

# NKEJI ABỤỌ

*(N'ụnọ Chief Nwosu)*

*(Chinyere nọ na-edozi ụnọ mgbe Ugonne ji wee bịa)*

**Ugonne:** Mmadụ ọnọkwa ebe a? O nwekwara onye nọ na nkẹ nwanne m Chief Nwosu?

**Chinyere:** Mmadụ nọ ya o. *(Chinyere apụta nyoo anya n'ọnụ ụzọ)* Ewo! Nne, nnọọ.

**Ugonne:** Chinyere kedụ? Kedụ nke m nọ na-akụ aka eri oge, o nweghị onye zara m?

**Chinyere:** Nne, ọ bụ ugbu a ka m si azụ ụnọ bata, na-efichasị ụnọ.

**Ugonne:** Kedụ maka nwanne m Chief?

**Chinyere:** Ọnọ ya.

*(Ka ha abụọ nọ na-ekwu ihe ndị a, Chief Nwosu abata.)*

**Chief Nwosu:** Oho! Ada nne m nnọọ. Ọ dịkwa mma? Kedụ nke ịgbara ụzọ wee bịa?

**Ugonne:** Ọ dị mma. A hụrụ m ndị ahịa gị, Igboji na Okereke. Ha kwuru na ha ga-abịa gwa gị na ha a kwadọchaala ị ga ahịa Igwenga, n'ụdị nke na o nwekwaghị ihe jizi nkịta ọnwụ, ha inupụ gaba. Ha azụtachaala ogede, akụ, ji na mmanụ wee kwanye n'ụgbọ na-echere ka ebili mmiri danata. Biko, gbaa mbọ hụ n'ozi gị ruru ha aka.

**Chief Nwosu:** Ọ dị mma. A nụgo m ihe i kwuru. Ozi ga-eru ha aka ọsọ ọsọ maka na-ejighị ihe eji agba na nti agba n'anya.

**Ugonne:** Ọ dị mma ka m naba.

*(Chief Nwosu e dupu nwanne ya nwanyị n'ezi.)*

*(N'ụnọ Odenigbo)*

*(Odenigbo nọ n'ụnọ ya na-eche echiche banyere omume Ọjị.)*

**Okoro:** Mmadụ ọ nọkwa ebe a?

**Odenigbo:** Ọ bụ onye? Batabà o.

**Okoro:** *(Ọ bata ụnọ, were oche. Odenigbo akpọọ Ụgbọakụ ka o weta ọjị)*

**Ụgbọakụ:** *(Were ọjị bata, bunye ya Odenigbo, kelee Okoro nnọọ, wee sị ka ya biakwa. O wee pụa)*

**Odenigbo:** *(Ọ goọ ọjị etu e si ago ya n'ala Igbo. Ha abụọ a taa ya)*

**Okoro:** Nna anyị Odenigbo, ị ma n'okwu akara aka, na-eji isi ekwe ya. Ọ bụ ego mmanya ahụ ka m bịaara.

**Odenigbo:** Nnọọ a nsogbu adịghị ya.

*(Odenigbo ebilie, kọta akpa ya dị n'ajà, wee chọba ego achọ n'ime ya. N'ikpeazụ o gaghị ahụ ego ahụ n'ime ya.)*

Ewo! Em, Okoro biko bịa naba, echi ka ị bịa were ego gị. O nwere ego m tinyere n'akpa a, ma na a hụkwaghị m ya. Biko, nabagodu, e wela iwe.

**Okoro:** A ga m ana. O nwere ike ị bụ na i dohiere ya. E nyela onwe gị nsogbu. Echi bụ Eke a ga m abịa ma m nyichaa nkwụ ụtụtụ.

*(Okoro eburu ete nkwụ ya naba)*

**Odenigbo:** *(Iwe ejụpụta Odenigbo obi. Ọ kpọba Ọjị nwa ya.)*

Ọjị, Ọjị! Ohoo! Kedụ ebe nwatakịrị a gabara?

**Ụgbọakụ:** *(A bata)* Nna anyị, ọ bụ Ọjị ka ị na-akpọ?

**Odenigbo:** Lekwanụ anya-o! Nwanyị a, ọ bụ gị bụ Ọjị? Kedụ mgbe i gbanwere aha wee zaba Ọjị?

**Ụgbọakụ:** *(Ebido negharịba anya, ozigbo ahụ Ọji a bata)*

**Odenigbo:** Ọji, kedụ ebe ị nọ mgbe m nọ na-etiwa akpịrị na-akpọ gị? Ebee ka ị gara?

*(Odenigbo eburu osisi ka ọkụa Ọji, ebe Ụgbọakụ ga na-agba mbọ i gbochi ya.)*

Ọji, lee akpa m, o nwere ego i were ebe a?

**Ọjị:** Ego! Ego, o nweghị ụbọchị m metụrụ akpa a aka, ezi okwu m nile.

**Ụgbọakụ:** Nna anyi, a gwagọ m gị na Ọji nwa m a anaghị eme aka ntụtụ. Chetakwa na o tego m bidoro wee na-agwa gị na o nwere okerekwukwu anyị na ya bi n'ụnọ a. Okerekwukwu a bụ Onyema na nwanne ya bụ Egondụ. Ikwube okwu ọbụla gbasara ịchọ ihe, ọnye a ga-ajụba ya bụ Onyema.

**Odenigbo:** A nụgo m ihe ị na-ekwu. O kwere m ghọta na o tego m bidoro na-achọba ihe achọ n'akpa mụ a. Kama na e nweghị m ike i ji ọnụ m ji eri ji eri ede wee sị na Okeke ma ọ bụ Okafọ na-eme ya. Ụbọchị nile bụ ụbọchị onye ori ma otu ụbọchị bụ nke ọnye nwe ụnọ. Ndị kwuru okwu sị n'ugwu mụta mgbaji ụkwụ, ndị na-arị ya amụta a gaturụ, akwụsi. Kpọọrọ m Onyema na Egondụ.

*(Ugbu a Onyema na Egondu ga-abata, Odenigbo ajuba ha ma ọ nwenugo mgbe ha weere ego n'akpa ya.)*

**Egondụ:** *(Ebido bewe akwa ariri, na-egosị na o nwebeghị mgbe ọ gbatara ya n'obi iga metụ akpa ahụ aka.)*

**Onyema:** *(Efifie isi o ji akwa ụwa ya)*

Nna anyị, a sị na nwata e gburu na-

agbata oke ala, na ọ bụ nna ya gburu ya.

*(Onyema na Egondụ a norọ na-akwa ụwa ha.)*

**Odenigbo:** Ọ dị mma. Ihe a maghị ka aga-eme, bụ ọnwụ nanị.

**Ụgbọakụ:** *(Ụgbọakụ na Ọji ga-anọ n'ụnọ ha.)* Ọjị o nwere otu ihe m chọrọ ị jụ gị.

**Ọjị:** Nne jụa m.

**Ụgbọakụ:** Kọọrọ m. O nwenugo ụbọchị ị hụrụ Onyema ebe ọ na-emetụ akpa nna unu aka? O woro m anya na ọga-enweriri, maka na o nweghị mgbe ọ ga-abụ gị ga na-aga e were ihe n'ebe ahụ.

**Ọjị:** A na m ahụba Onyema mgbe ụfọdụ ọ na-emetụba akpa nna anyị aka. Mgbe ụfọdụ m hụ ya ebe ọ kpụ ihe n'ọnụ. Mgbe ụfọdụ ọ na-enyekwa m ihe ndị a dị ka akụ inu.

*(Ka ha abụọ na-ekwu okwu ndị a, Odenigbo abata.)*

**Ụgbọakụ:** Ehee nna m ukwu. A gwala m gị eri oge ka amara ihe e mere ụmụaka a bụ Onyema na Egondụ.

**Odenigbo:** A nụgo m. Nwayọọ nwayọọ ka anyị ga-eji so ya bụ okwu. A naghị eji ọsọ aracha aka, maka a naghị afanye ya n'elu uko. Ka m jee hụ Chief Mberedeọgụ, maka na ọ sị na o nwere okwu dị mkpa mụ na ya ga-etinye ọnụ na ya.

*(Odenigbo na Ụgbọakụ apụba, Onyema na Egondụ abata, wee na-ekwu n'ihe ha ga-emezi ugbu a bụ ibido jiri nwayọọ na atụtụba ngwo ngwo ha.)*

# NKEJI ATỌ

*(N'ụnọ Mberedeọgụ)*

*(Chief Mberedeọgụ na Ụzọma ga-anọ n'ụlọ ha)*

**Ụzọma:** Nna anyị birikwa-o!

**Chief Mberedeọgụ:** Oriaku m!

**Ụzọma:** Nna anyị, biko o nwerenọọ otu ihe na-egbu m mgbu eri oge n'obi. M sachaa ọnụ i gwa gị ya, a hapụkwa m.

**Chief Mberedeọgụ:** Gịnị bụ ihe ahụ?

**Ụzọma:** Ị hụgo nwa gị nwoke a, bụ Dike? E bidogo m nyobe ya enyo.

**Chief Mberedeọgụ:** Nyobe onye enyo?

**Ụzọma:** A na m akọrọ gị gịnị? A nụgo m na ya na Ọjị nwa Ọdenigbo e bidogo ime enyi. Ụbochị afọ gara aga, ka Enyidie, nwunye Ụzọka kpọrọ m wee na-agwa m nke a. Ọtụtụ ndị ọzọ bukwara ụzọ wee kwue ya, m wee mee ntị ka o nweghị ihe m nụrụ.

**Chief Mberedeọgụ:** *(Iwe ejide ya)* Onye na Ọjị? Ọjị nwa Odenigbo aha ya na-esi n'obodo a ka ogiri rere ure! Rapụ, a ga m egosị Dike na ọ bụghi be m ka ọ ga-anọ wee kpa ụdị agwa a.

**Ụzọma:** Ọ dị egwu!

**Chief Mberedeọgụ:** Ị ma n'ihe ihe a jiri wute m nke ọjọọ bụ n'Odenigbo na-achọ i gosị m na ya nwere ego, wee na-agba m mgba okpuru n'ụzọ dị iche iche. Odenigbo bụ onye pụtara wee kwue hoo haa na ya akwadoghị ọchịchị m, na ya amaghị ihe e jiri rapụ ya nwa nwere ego n'obodo a bụ Ụmụọkpara o wee burụ mụnwa bụ Mberedeọgụ ka enyere ọkwa ọchịchị. Kama na ọ maghị na

nwata ọ na-agbara afa, na nna ya bụ dibịa.

**Ụzọma:** Ọ bụkwa nanị n'izu gara aga, ka m jiri nụ na Odenigbo na-achọ ụzọ iji kwatue gị, ka ọ chịba. Anyị ga-adọ Dike aka na ntị, ka ụkwụ ya ghara ị tụkwa ọzọ be Odenigbo, n'ihi na Odenigbo nwere ike i si n'aka ya, wee nweta gị, maka na a sị na-esi n'aka ụmụ ọkụkọ, wee na-enweta nne ha.

**Chief Mberedeọgụ:** Ka anyị na-elegodu anya. Etu ọbụla o siri dị, tupu otu ọnwa, a ga m egosị Odenigbo na ọ bụ m bụ eze obodo a.

Emume Abụọ

## NKEJI MBỤ

*(N'ụnọ Odenigbo)*

*(Odenigbo ga-anọ, Ụgbọakụ ewee batakwute ya.)*

**Ụgbọakụ:** Nna anyị, biko ọ bụkwanụ ihe gbasara otu okwu ahụ ka m jiri bịa. Ị ma na-asị n'ọbụ nanị ire ka akpụ n'ọnụ, oge nile, ọ ghara ị pụ njọ.

**Odenigbo:** Okwu gịnị? Ị ga-ekwezikwa ka chi foo, ibido kwue, kwue, kwue gị?

**Ụgbọakụ:** Nna anyị, ọ bụ etu o jiri, dị mkpa maka na ntị a anaghị ezu ike ma akụ agwụghị n'ọnụ. Ọ bụ maka Onyema na Egondụ. Otu ihe m chọpụtara n'ebe ị nọ bụ na ị naghị emeghari ahụ ọsọ ọsọ. Ị ga-anọrọ mmiri erue gị n'ọnụ na-emeghị ụghara. Ị maghị na-igbachi nkịtị otu a, Onyema na Egondụ eyie mụ na gị egwu n'ụlọ a.

**Odenigbo:** E! ọ bụ m bụ Odenigbo ka i dobere ọnụ otu a wee na-agwa okwu? Ụgbọakụ, a na m agwakwa gị, ka okwu Onyema na Egondụ gharakwa i butere mụ na gị nsogbu ana-atụghị anya n'ụlọ a. A hụgo m Obilọ, onye isi ndị a na-ere mmadụ. O kwere nkwa na ha ga-abịa duru Onyema ree. A bịa n'ebe Egondụ nọ, a hụrụ m Nwiwu bụ onye a ga-akpọgara Egondụ, ka di ọkpara ya nụba ya.

**Ụgbọakụ:** *(Ụgbọakụ e gosi obi añụrị o nwere site na amụma ndị a.)*
Ọ dịnọọ mma otu a. Biko i chetakwara gwa ha banyere Onyema na aka ntụtụ ya?

**Odenigbo:** *(Iwe e jide ya)* Lekwanụ anya! Ịhụgo ebe a na-agwọ nsi odo anya, wee na-atụnye ya ose? Ị mataghị na-ikwu nke a, ga-abụ ite a na-akpụ awaa?

**Igboji na Okereke:** *(Ha akụa aka)* Biko mmadụ ọnọkwa ebe a? Ndị be Odenigbo ọnọkwa ya?

**Ụgbọakụ:** Ọ bụ ndị one?

**Igboji na Okereke:** Ọ bụ ndị oje ozi Chief Mberedeọgụ.

**Ụgbọakụ:** Batabanụ o. *(Ụgbọaku gaa mepe ụzọ)* Mnọọ nụ.

**Igboji:** Nna anyị Odenigbo, ọ bụ Chief Mberedeọgụ ziri anyị ka anyị . . .

**Odenigbo:** Unu a hụgokwanụ uke? Ndị one ka unu bụ, nke na unu a gaghị ekele Odenigbo, unu e bido kọba akụkọ . . .

**Okereke:** Nna anyị, e wela iwe. Ndewo!

**Odenigbo:** Ndewo nke gị! Unu sị na gịnị mere?

**Igboji:** Nna anyị Odenigbo, ọ bụ Chief Mberedeọgụ ziri anyị ka anyị zie gị.

**Odenigbo:** Ọ sị na m zọgburu ewu ka ọ bụ ọkụkọ ya?

**Okereke:** Nna anyị Odenigbo, Chief Mberedeọgụ sị ka ị hụ na-ewepụrụ aka enwe n'ofe tupu ọ ghọọ aka mmadụ. Ọ sị ka anyị gwa gị, ka ị kwụsị Ọjị nwa gị na Dike nwa ya, ị dị na-akpakwa. Na e meghị otu a, na nsogbu ga-adapụtara unu abụọ.

**Odenigbo:** Oho! Nnọọ nụ.
*(Iwe ka dị Odenigbo n'ime obi, mana ọ gaghị eme ka ọ puta ihe)*
Biko, Chief Mberedeọgụ ọ sị na Ọjị nwa m zọgburu ọkụkọ ya, ka ọ bụ gịnị?

**Igboji:** Anyị amaghị. Ọ bụ nanị otu a ka Chief Mberedeọgụ siri wee zie anyị ya.

**Odenigbo:** Ọ dị mma, nabanụ. A ga m a bịa hụ

Chief Mberedeọgụ ị mata ihe ọ na-ekwu.

*(Ugbu a Igboji na Okereke ga-ekele Odenigbo, wee naba.)*

Lekwanụ etu mmadụ si a nọrọ be ya nọwaa ukwu. Ọ bụrụ na Chief Mberedeọgụ chọrọ ọgụ anyị abụọ, ihe ka mma bụ ka ọ pụtawaga ihe, rapụ ị ga sibe na aka ụmụaka. Etu ọbụla o siri dị, o kwere m ghọta n'ihe bụ iwe ya bụ nkwụ na ala nile m nwere mere o ji atụ egwu na m ga-akwatu ya n'ọkwa eze. Ihe masịrị, ya mebe. Onye na-emeghị ihe ọ bụla a naghị atụ egwu egbe enuigwe.

*(Odenigbo a kpọọ oriakụ ya, gwa ya ka ya gaa hụ ndị ọlụ na-akọrọ ya ihe, wee pụba. Ụgbọakụ a banyekwa n'ime ụlọ, ya wee na-akwadobe erimeri, Onyema na Egondu ga-eri. Ihe ahụ ga-abụ nri akpụ na ofe ihe na a dịghị n'ime ya karia nnu na ose na mmanụ.)*

**Ụgbọakụ:** Ihe sọrọ Egondụ na Onyema ha na-aghọ. Mgbe ha batara, ha e jiri ofe a wee rie nri a. Ọ bụrụ na ha nwaa anwaa jụ iri ya otu a, e gosi m ha ihe ọkụ ji ntị oke wee na-eme.

## NKEJI ABỤỌ

*(N'ụnọ Chief Mberedeọgụ)*

*(Chief Mberedeọgụ na oriakụ ya ga-anọ na-ekwu okwu gbasara nsogbu ụfọdụ na-adaputaba n'obodo ha, tụmadị n'ebe ndị na-etonite etonite nọ, na ihegbasara izọ nkwụ na ala. Nwobere oge, Ibe akpụrụ ụmụ-okorobịa abụọ na-azọ ọzọ nna ha wee nubata n'ike. Ha nile ekele eze.)*

**Chief Mberedeọgụ:** Ehe! Ị kpụtala ndị a na-achọ i buta nsogbu n'ala anyị?

**Ụzọma:** Legodu ọmalịcha ụmụokorobịa ndị a kwesịrị ị dị na-ebi ka ara na obi, pụta wee na-atakarị onwe ha.

**Chief Mberedeọgụ:** Kedụ aha unu?

**Nweze:** Eze birikwa o. Aha m bụ Nweze Ụzọdịmma.

**Akụnebu:** Eze ga-adị ndụ rue mgbe ebighị ebi. Mụnwa bụ Akụnebu nwa Ụzọdịmma.

**Chief Mberedeọgụ:** Mụnwa bụ Chief Mberedeọgụ ziri ka a ga-kpụta unu.

**Ibe:** *(A kwụrụ na-eneghari anya.)*

**Ụzọma:** Lekwa nwatakịrị a. Ị makwa ebe ị nọ? Chịpụ aka gị azụ. Ọ dị ka ị chere na ị nọ n'ụlọ unu ebe gị na nwanne gị nọ na-eme chịkwụ chịkwụ. Ụmụaka oge ugbu a, ọ dị egwu.

**Chief Mberedeọgụ:** E ji m n'aka na-okwere unu ghọta na mụnwa tiri iwu nke m jiri machibido ụzụ na ăghara n'ime obodo a bụ Ụmụọkpara. Nwoke m, kedụ ihe bụ nsogbu gị?

**Nweze:** Nna anyị, ọ bụkwanụ ihe mere ede o jiri bee nwii. Nna anyị bụ Alụka nwere nwunye abụọ. Nne m na nne Akụnebu. Akụnebu tọrọ m atọ maka na nne m amụtaghị nwoke n'oge, mere nna anyị Alụka jiri ga-nụta nne Akụnebu. Ihe butere m jiri wee na-azọ ị nọchi ọzọ nna m bụ maka n'ọbụ nne m ka eburu ụzọ wee nụta n'ime ezi anyị.

**Chief Mberedeọgụ:** Akụnebu ginị mere i ji arụnye nwanne gị aka n'mkpụrụ anya?

**Akụnebu:** Ihe Nweze kwuru bụ ezi okwu. Eburu ụzọ wee nụta nne ya tupu ewee nụta nne nke m, mana nne m bu ụzọ wee mụta nwa nwoke. Mụnwa bụ di-

ọkpara n'ezi na ụnọ nna m, nke isi ya bụ na mụnwa bụ onye ga-anọchi ọzọ nna m.

**Chief Mberedeọgụ:** Em, anụgo m ihe unu kwuru. Unu ga-anaba. Mụ na ndị ichie na ndị amaala ga-eleba anya n'okwu a. Ma na ka m dọkwaa unu aka na ntị ọzọ. Ọ bụrụ na m a nwaa anwaa jiri ntị m nụ na unu bidokwara nsogbu ọzọ, e gosị m unu ihe a na-ere mbekwu a na-eke ogbu. Nabagodu nụ.

*(Nweze na Akụnebu ga-ekele eze wee pụọ.)*

## NKEJI ATỌ

*(N'ụnọ mmanya)*

**Chienye:** *(Nwanyị mmanya ga- na-akpọsa mmanya ọ na-ere, na-edetụ ya ọnụ maka iji gosị na ọ bụ di-ochi wụtara ya. Ndị enyi Ọjị bụ Ude, Agụ, Odumodu na Ekenta ga e ruta n'ụnọ mmanya ahụ, were oche.)*

**Ude:** Nne kedụ, mmanya tata ọ ga-adikwa ka nke anyị ñụrụ ụnyahụ?

**Chienye:** Oho, ị na-ajụ ajụ? Ọ bụ nwa Mgbeke amaghị akpụ isi ka ọ bụ na agụba adighị nkọ. E ji m ihe m. Nke tata dị sam!

**Agụ:** Ngwa, wetaba eweta.

*(Chienye e bunye ha mmanya.)*

**Ekenta:** Mana, kedụ maka Ọjị? Ọjị ọ ga-achọ ịrapụ anyị tata?

**Odumodu:** O nweghị nrapụ dị na ya. Mụ na Ọjị hụrụ n'ụtụtụ tata. Ọ sị na ya ga-abịa. Ọ bụrụ n'anyị eburu ya ụzọ, anyị ribe oriri n'ego dị.

*(Ozigbo ha ñụbara mmanya ndị a, Ọjị azọchie.)*

**Agụ:** Ọjị! Ọjị!

**Ude:** Oke osisi.

**Odumodu:** Nkpọkịtị udele.

**Ekenta:** Gaa gaa n'ogwu. Oke nkịta ji isi anya ọkụ.

**Ọjị:** Ehe! Ụnụ abịagori? Kwenu!

**Ndị Enyi:** Iyaa!

**Ọjị:** Rienu!

**Ndị Enyi:** Iyaa!

**Ọjị:** N̄ụanụ!

**Ndị Enyi:** Iyaa!

**Ude:** Aka ji akụ!

**Ọjị:** Ọ bụ m. Egwu atụla unu. Ribenu oriri maka anaghị abịa ụwa ugboro abụọ. Nwanyị, ị mara anụ nchi nile i siri tata, a chọrọ m ha ebe a, tupu iwe a bịa m n'obi.

**Chienye:** E bi m ebi. E bi m chịm chịm. E jighị mma m gbu onye ọjọọ. Nkwu dị, ngwọ dị, ngwọngwọ, azụ ndụ dị, ụkpaka na okporoko – o n̄weghị ihe ana-achọ achọ n'akpa onye dibịa.

*(Chienye a na-ebupụtara ha nta na imoroko nile. Ha na-eri, na-ata, na-an̄ụ.)*

**Ọjị:** Kedụ nke anyị nọ mmadụ na-esị mmụọ mmụọ? Odumodu, biko nye anyị onu.

**Odumodu:** *(Egwu mmanya ebiri okụ)*

Kama mmanya ga-adọ n'ite ... ka ọ dọrọ n'afọ. Kama mmanya ga-adọ n'ite, ka ọ dọrọ n'afọ. Ọ dọrọ n'afọ ... Ọ dọrọ n'afọ.

**Ude:** Ị na-edobe mmanya ọra? Ị na-edobe mmanya ọra? I nwekwara ụmụnna?

**Agụ:** Na mgbe mbụ a nọ m n'ọchịchịrị. Ma nkwụ na ngwọ m n̄uru emego ka m mụta ihe.

**Ekenta:** Ụmụ ibe, anyị ga-edobekwanụ iru n'ụzọ ụna.
*(Obido igụ egwu mmanya mmanya)*
Ụna, ụna, ụna anyị e ruo.
Ụna ka anyị ga-ana. Mmanya alụgo ọlụ ya.

**Ọjị:** Ọ dị mma. Nwanyị ego gị bụ ego one?

**Chienye:** Ọgụ ego na iri.

**Ọjị:** *(Ọ manye aka n'akpa, wepụta ọgụ ego)*
Nee ego m nwere.

**Chienye:** Ọjị ị bịakwa ọzọ? Chetakwa ụgwọ ego ụkpaka ị zụrụ n'izụ gara aga.

**Ọjị:** Nne, biko jidegodụ nke a. Echi ka m wetara gị nke fọdụrụ.

**Chienye:** *(E bilie jide Ọjị n'uwe ya)* Ọ bụghị m ka ị na-agwa. Ọjị kwụa m ụgwọ mmanya ị zụrụ.

**Odumodu:** Nne biko, ị nụgo ihe Ọjị kwuru. Rapụ nụ ya, echi ka o wetara gị ego nke fọdụrụ.

**Ọjị:** Ekenta, biko o nwere ego dị unu n'akpa?

**Ekenta:** *(Odumodu na Agụ a fọchaa akpa ha weta nanị ego ise, nye Ọjị)*

**Ọjị:** Ngwa were ego. Ihe fọdụrụ bu ego ise.

**Chienye:** *(Ejiri iwe nara Ọjị okpu ya nke ọ ga-enyeghachi Ọjị ma o weta ụgwọ ọ ji.)*
A ga m ere okpu a ma ọbụrụ na-ahụghị m gị. Akalogoli mmụọ.
*(Ọjị na ndi otu ya ejiri iwe naba.)*

## NKEJI ANỌ

*(N'ụnọ Odenigbo)*

*(Odenigbo ga-anọ n'ụnọ ya na-ewepụta anwụrụ n'akpa ya. Ụgbọakụ abata nọrọ ala, na-ekwughị ihe ọbụla. Omume a ga-akpasu Odenigbo iwe.)*

**Odenigbo:** Ụgbọakụ, kedụ isi nke a? Kedụ mgbe o jigoro ru otu a, nke ịgba m nkịtị? Lekwanụ anya o. Ihe a na-akpa gị n'anya, otu ụbọchị a ga m ewepụ gị ya. A maghị m nke bụ okenye ị mụba aka ekpe na nka.

**Ụgbọakụ:** Nna anyị ọ bụghị otu a. A nụgo m n'onye mmiri chọrọ iri a naghị amakwa onwe ya.

**Odenigbo:** Onye ka mmiri chọrọ iri? Ị sị na mmiri na-achọ iri mụnwa bụ Odenigbo? Gị ka ọ ga-ebu ụzọ wee rie.

*(Iwe ejide Odenigbo nke na-ọchọrọ inukapụ Ugbọakụ.)*

**Ụgbọakụ:** *(E wetue obi)* Nna anyị ọ bụghị otu a. Ihe m chọrọ ịjụ gị bụ banyere ndị ahịa a na-azụba ahịa mmadụ. I chetara n'anyị apigo okwu onụ wee kwue na orire ka a ga-ere Onyema.

**Odenigbo:** A gwago m Obilọ maka nke a. Ọ kwetakwara nkwa na ya ga-abịa n'ime izu a.

*(Ka ha kpụ okwu n'ọnụ, Obilọ azọchie, kụa aka n'ụzọ)*

**Obilọ:** Mmadụ ọnọkwa ebe a?

**Ụgbọakụ:** Ọ bụ onye? Mmadụ nọ ya.

**Obilọ:** Ọ bụ Obilọ o.

**Odenigbo:** Ehe bataba o. *(Obilọ abata ụnọ)* Nnọọ. Ndị be gị kwanụ?

**Obilọ:** Ha nọ ya. Kedụ maka ndị nke gị?

**Odenigbo:** Nsogbu a dịghị. Ụgbọakụ, gaa ka ị chọta ọjị ka mụ na Obilọ chịa izu. *(Ụgboakụ ga-apụ)*

**Obilọ** Ehe! A hụgo m ndị a na-azụ ahịa mmadụ n'Igwenga. Ha kwuru na ndị Bekee ebidola ị dị na-ejide ha, na-ekwu na-ịzụ ahịa mmadụ dị n'iwu.

N'ihi nke a ha kwuru na ọ bụ ụzị abalị ka ha ji eme ihe nile gbasara nke a. O nwere mmadụ atọ ha chọrọ i repụ tupu o rue na nke gị. Ihe nke a pụtara bụ na n'izu ọzọ ka anyị ga-abịa maka i duru Onyema.

**Odenigbo:** Ọ dị mma. Ihe mere bụ na m ga-akpọ Onyema ka ịhụ ka ọ ha. Ma emekwala ka a ga-asị na o nwere izu anyị nọ n'ime ya.

**Obilọ:** Ọ dị mma.

**Odenigbo:** Onyema! Onyema!

**Onyema:** Nna anyị.

**Odenigbo:** Bịa ka m zie gị ozi. *(Ugbu a Onyema ga-apụta, kelee Obilọ)* Gaa ka i nenee ma ewu ahụ m zụtara ọhụrụ ọ nọzịkwa na ọgbịrị.

*(Onyema apụọ)*

**Obilọ:** Ego dị na nke a. O zuru ihe a chọrọ. *(Ụgbọakụ ga-eburu ọjị bata. Ha tachaa ya, Obilọ wee naba)*

**Ibe:** Kedụ ndị nọ n'ebe a?

**Ụgbọakụ:** Onye na-akụ?

**Ibe:** Ọ bụ Ibe, oje ozi Chief Mberedeọgụ.

**Ụgbọaku:** Batabа.

**Ibe:** *(Ya abata)* Nna anyị ndewo. Ọ bụ Chief Mberedeọgụ sị ka m bịa kpọọ gị. Ọ sị onye ya huru ugbu a ma ya bụrụ gị.

**Odenigbo:** Ọ sị nałosukwala ọzọ? Ụbọchị gara aga, ka o ziri ozi maka nwa m Ọjị. Taa o wee bụrụ ka m jiri ụkwụ m bịa. Biko, ọ sị na ọ bụ gịnị ka ọ na-akpọrọ m?

**Ibe:** A maghị m, kama na-ọsị n'onwere ozi si n'aka nwa D.C.

**Odenigbo:** Ọ dị mma. Gwa ya na a na m abịa. *(Ibe a naba)*

**Ụgbọakụ:** Nna anyị, biko ọ bụrụ ihe ghasara Ọjị nwa m e kwekwala ihe ọ bụla. Chief Mberedeọgụ mara na-ọchọrọ ọgụ gị na ya, ya pụtawaga ihe, ya rapụ ị gba ukwu ose okirikiri. (stop running)

Stop running around pepper tree.

## NKEJI MBỤ

*(N'ụnọ Chief Mberedeọgụ)*

*(Chief Mberedeọgụ na oriakụ ya ga-anọ n'obi ya.)*

**Ụzọma:** Nna anyị, ka m kpọọ Ibe ka anyị mara ma ọ gakwara kpọọ ndị ichie dị ka i siri wee zie ya ụnyahụ.

**Chief Mberedeọgụ:** Ọ dịkwa mkpa, maka na nwatakịrị a bụ Ibe na-adị na-ajụ oyi mgbe ụfọdụ. Kpọgodu ya.
*(Tupu Ụzọma ana-akpọ Ibe, ndị ichie akụ a aka n'ọnụ ụzọ)*
Ehe, batabanụ o.
*(Igwe, Ụbadọgụ na Odenigbo ga-abata)*

**Chief Mberedeọgụ:** Unu ka m kpụ n'ọnụ ugbu a. Nnọọnụ.

**Ụzọma:** *(E bubata ọjị)*

**Chief Mberedeọgụ:** *(Ọ ga-ago ọjị dị ka omenala siri dị)*
Ndị ichie nnọọnụ. Ọ bụ m ziri ozi ka a kpọọ unu. Nwa D.C. kpọrọ ndị Chief nile dị n'obodo a n'Ugwu Nwaparị wee kwue na ya a chọbala ịna ezumike nka. Ọ sị na ya chọrọ ka anyị kpọnye ya otu nwa okorobịa ya ga-akpọ naa, ọ ga-azụ ka ọ bụrụ nwa D.C. ga-anọchi ya.

**Igwe:** Ebee ka a ga-azụ onye ahụ?

**Chief Mberedeọgụ:** N'ala Bekee.

**Ụbadọgụ:** Ohoo! Ọ dịkwa egwu! Onye nke ahụ a laalanụ mmụọ.

**Chief Mberedeọgụ:** N'ụdị añaa?

**Igwe:** Onye soro nwa D.C. naba ala Bekee, ọ ga-efe efe naghachite? Onye gagoro ya bụ ala Bekee, ị hụgoro?

**Chief Mberedeọgụ:** Ihe mere bụ na-agara m isị ka m kpọnye ya di ọkpara m bụ Ezenta, ma

ọ bụ nanị ya bụ nwa nwoke m jiri biri. Ọ bụrụ na ọ pụọ, o nwee ihe mere m ịmara n'anyị e nwekwaghị eze. Nke ọzọ wee bụrụ na-enwere m akụ, nwee nkwụ na ala, nwee ọba ji zuru ihe a chọrọ, nke Ezenta na-enweghị ike iricha, ya na ụmụ ya. Kedụ uru ọ bakwara ị sị ka ọ gaba chọbakwa ebe akụ ga-esi wee batakwa n'ụlọ a?

**Igwe:** Chief, ikwuru ihe mere eme. I zipụ Ezenta bụ ime ka anyị gbara aka eze. A na m eche na anyị ga-enegharịba anya n'obodo anyị a bụ Ụmụọkpara, ị chọta otu nwa okorobịa ọbụla na-abaghị uru. Ọ bụrụgodụ onye ori, anyị e jiri ụzọ a wepụ ya. Anyị e wee hụ ihe ahụ dị n'uko elu, n'uko ala, jiri otu okwute wee tụgbue nnụnụ abụọ.

**Ụbadọgụ:** A kwadoro m ihe Igwe kwuru. Unu ma ndị Bekee na ndụ ha. Ọ dị ka nwa D.C. achọbala onye ọ ga-agbara n'oru ma ọ puta ọ na-ekwugide nke a. Anyị ga-achọba otu iberiibe mmadụ dunye ya.

**Chief Mberedeọgụ:** Odenigbo isokwa anyị wee nọrọ ebe a? Kedụ nke ị gbachiri nkịtị kpam kpam? Eri anyị kwubere okwu a, o nweghị pim ọ bụla sigoro gị n'ọnụ wee pụta.

**Odenigbo:** Gịnị ka ị chọrọ ka m kwue? I chezọgo izu gara aga i ziri Ibe ozi ka ọ bịa dọọ m aka na ntị banyere nwa m Ọjị? A na m eche ka i bunite okwu nke a. Nke bụ ị nọ be gị na-akpọ Ọjị nwa m onye ori. *(Ugbu a Odenigbo ga-eji iwe bilie)* Nsọpụrụ m na-enyegodu gị bụ na ị bụ Chief, ma na o nwere ebe ihe n'abụ o rue . . .

**Chief Mberedeọgụ:** *(E jikwara iwe bilie nke ya)* Odenigbo, ị ga-ama etu ị ga-esi dobe ọnụ wee na-agwaba m okwu. Ebe ọ bụ gị na-esota eze, anyị ga-akpọnye ya nwa gị Ọjị. *(Ọgba ụghara na nsogbu ga-adapụta ụgbu a. Oke n'ọsọ ngwere n'ọsọ. Onye ọ bụla a gbasaa.)*

## NKEJI ABỤỌ

*(N'ime ụnọ Odenigbo)*

*(Onyema na Egondu ga-anọ na-ata akụ na ọka, na-arụkwa ede, ha kpotere n'ụgbo ebe a bụrụ ede, n'ọkụ. Nwaọbere oge, Ọjị ga-abata rịọba ka ha nye ya. Onyema ga-eji isu ude wee nye ya obere akụ na ọka, wee jụ inye ya ede. Egondu ga-ario Onyema ka o jiri maka Chukwu nye Ọjị ede, ọ bụla nke obere ya. Ozigbo Ọjị na-atụnye ya bụ ede n'ọnụ, Ụgbọaku abakwute ha n'ike, gbanye aka n'ukwu.)*

**Ụgbọakụ:** Oho! Ihe nke a m na-ahụ, ọ bụ na nrọ ka ọ bụ n'ihe? Ọjị, ọ bụ gịnị ka gị na ụmụ anụ ọhịa ndị a nọ ebe a na-eme?

**Ọjị:** *(Ọjị e bido ịficha ọnụ ya na ino ihe ọ kpụ n'ọnụ ka a ga-asị n'onweghị ihe mere.)* Nne, o nweghị, a nọ m n'ime ụnọ nke ọzọ wee na-anụ ka a na-eti akụ piam, piam, piam. M wee bata ị ma ndị na-eme. O wee bụrụ Onyema na Egondụ nọ ebe a na-ata akụ na ọka na-erikwa ede nke m na-amaghị ebe ha siri nweta.

**Ụgbọakụ:** Ehe! Onyema na Egondụ, Ọjị nwa m ka unu chọrọ ịrafu. Gbọọ, ebee ka unu siri weta erimeri ndị a unu zoro ebe a wee ná-atagwo?

**Onyema:** *(E jiri egwu bilie, ebe o fodụrụ nwaobere ihe ka Egondụ gbapụ.)*

Ọ bụ . . . ọ bụ . . . ọ bụ n'ugbo ebe nne anyị kọrọ erimeri ka anyị gara kpo- kọta ihe ndị a.

**Ụgbọakụ:** Ọ bụ ka o mere. Nne unu si n'ala ndị mmụọ wee bịa kọọrọ unu ede.

*(Ugbu a, ọ ga-ebuni azịza wee chụnie Onyema na Egondụ. Ha abụọ ga-etiri mkpu wee gbapụ. Ọjị ga-akwụ ebe ọ kwụ.)*

Ọjị ị si na i soghị Onyema na Egondụ wee na-eme aka ntụtụ?

**Ọjị:** Kedụ nke mụ na Onyema na nwanne ya? A pụtara m nọọ na-ekiri ha ebe ha na-eri ihe ndị a, wee na-agwa ha na m ga-akọrọ ya nne m. Ọ bụ mgbe ha na arịọ m biko, biko, ka i jiri wee bịa-kwute anyị.

**Ụgbọakụ:** Ka Odenigbo batagodu ka m mara ebe anyị ga e dobe Onyema na nwanne ya, Egondụ.

*(Ozigbo ahụ Odenigbo abata kpọọ Onyema: Kama Onyema ga-aza wee bịa, o wee bụrụ Ụgbọakụ)*

**Odenigbo:** Ọ bụ gị bụzi Onyema?

**Ụgbọakụ:** Nna anyị, mba. Ihe ka nte bakwutere nte n'ọnụ.

*(Ọ ga na-ekwu ihe nile ndị a n'ike n'ike.)*

**Odenigbo:** Ọ bụ gịnị mere?

**Ụgbọakụ:** Nna anyị, ị ma mụ na gị n'oweghị onye riruru erimeri ka Onyema na Egondụ? Ị ma na ọ na-abụ ụmụaka a rijuchaa afọ, ha apụọ na nzuzo na-ezu ọka na ede anyị kọrọ n'ugbo na-eri, na-asị n'ọbụ n'ugbo nne ha ka ha si e nweta ha. Nke tata a bụghị ihe a gwara m agwa. E ji m anya m abụọ wee hụ nke a. Ọjị nwa m hụkwara ha otu aka ahụ mgbe ha na-eri ihe ndị a,

ha zutere n'ori, na nzuzo. Ihe ahụ m na-ekwu, ka m n'ekwuriri. A kpụghị m mmiri n'ọnụ. Otu ụbọchị ụmụaka ndị a ezue ewu mmadụ kpụbata n'ụnọ a. Odenigbo, e kwukwaa m ya ọzọ, ka anyị mara ihe e mere ụmụaka ndị a. E jighị ihe a na-agba na nti, agba n'anya.

**Odenigbo:** Ọ dị mma. A nụgo m ihe i kwuru. Mụ na ụmụaka a ga-ahụ, ka m mata nke bụ apa n'isi, ọnyị n'ụkwụ, apa n'ụkwụ, ọnyị n'isi. Kedụ nke bụ na mmadụ a gaghị añụ mmiri kobe ọba n'ụnọ a? Oge ọ bụla, nti a gaghị ajụ mmadụ oyi.

Ya dịba, ihe a maghị ka e mere, ka a ga-eme ya dị. Ugwu n'abụ ọ mụta mgbaji ụkwụ, ndị na-arị ya a mụta, a gatụrụ a kwụrụ.

**Ụgbọakụ:** Nna anyị, negodu, ọ fọdụrụ nwaobere ihe ma m chezọọ ihe m kpụ n'ọnụ ị jụ gị. Biko, kedụ ka i siri gaa be Chief Mberedeọgụ ụbọchị a ọ kpọrọ gị na ndị ichie?

**Odenigbo:** Ọ dịnọọ egwu. Ọ fọdụrụ nwaobere ihe ka mụ na Chief Mberedeọgụ sị na nkute ụtaba banye ime ahịa.

**Ụgbọakụ:** N'ụdị gịnị?

**Odenigbo:** Akụkọ gaara ịkọ ụbọchị ahụ maka na o nweghị onye nwere ike i kwe na mụ na Chief Mberedeọgụ nwere ike i gwunyebe onwe anyị mkpụrụ aka n'iru.

**Ụgbọakụ:** Nna m ụkwụ, ị ma na a naghị a gwa ntị na a ga-akọrọ ya ihe. Ị sị na gịnị mere . . . ?

**Odenigbo:** Chief Mberedeọgụ mere arụ ya bụ

ụbọchị. Ọ gwara anyị na nwa D.C. a chọbago ịna ezumike nka wee chọọ ka e dunye ya di ọkpara eze ọ ga-azụ ka ọ bụrụ nwa D.C. Anyị wee chọpụta n'ihe a ghọrọ aghọ abatago na ya maka na mgbe n'iie ọ na a naba ezumike, ọ naghị achọ onye a ga-akpọnye ya maka na ọ gachaa, ọ naghachite azụ. O wee rue na nke a ọ na-agaghị anata ọzọ, o wee chọba onye ọ ga-akpọ naa. O wee bụrụ na Chief Mberedeọgụ na-egosị n'ebe ọ bụ nanị otu nwa nwoke ka o ji, na ọ ga-abụ di ọkpara m bụ Ọjị ka a ga-akpọnye, n'ihi na ọ bụ m bụ onye na-esota ya.

**Ụgbọakụ:** Ewo! Nna anyị, e kwekwala. Ọjị nwa m! Ọjị nwa m ga-aga ebee? I wee sịkwanụ ya gịnị?

*(Iwe na ọnụma e jide Ụgbọakụ nke ga-eme ka obido ikwa emeri.)*

**Odenigbo:** Cherenụ!

**Ụgbọakụ:** A gwago m gị na Chief Mberedeọgụ nwere ntaji anya n'ebe ị nọ, mere o ji achọ imebi aha Ọjị. A bịa n'obodo a bụ Ụmụọkpara, ọ bụ nanị Ọjị bụ ajọ nwa ọ hụrụ.

**Odenigbo:** Ị ma na ya bụ ụbọchị, ọ fọrọ nwaobere ihe ka ebenebe gbue ebenebe. Nwa pem ihe ka ọ fọdụrụ ka mụ na Igwe, Ụbadọgụ na Chief Mberedeọgụ bitụ onwe anyị aka.

**Ụgbọakụ:** Ọ bụ gịnị ga-ebutezi nke a? Ihe mere bụ na nwayọọ nwayọọ ka anyị ga-eji wee so okwu a. Otu onye a naghị akarị ọha. Ọ bụrụ na-iga arịọ Chief ka o wepụ anya n'ebe Ọjị nọ, wee chọba onye ọzọ, anyị ga-aga.

**Odenigbo:** Anyị nwere ike ị ga maka n'ihe mere o jiri kwue ka e dunye nwa D.C. Ọjị bụ na m nwere ụmụnwoke abụọ – Ọjị na Onyema, nke ka nke, Ọjị wee bụrụ okenye.

**Ụgbọakụ:** Ọ dị mma, ka oge na-erugodu. Emechaa Chief Mberedeọgụ ga-eji isi ya buru okwu na uka ahụ ọ na-achọ site n'aka gị. Ihe woro m anya bụ na ọ bụ ọ chụ ọkụkọ nwe ada.

*(Ụgbọakụ a banye n'ime ụnọ.)*

**Igwe na Ụbadọgụ:** *(Ga-akụ aka)* Mmadụ ọ nọkwa ya.

**Odenigbo:** Ehe! Anyị nọ ya. Bataba -o.

*(Ha a bata ụnọ were oche)*

Nnọnụ. Oriakụ wetara anyị ọjị o.

*(Mgbe ha nọdụrụ ala, Ụgbọakụ ebute ọjị, ha awaa, taa.)*

**Ụbadọgụ:** Odenigbo, ọ bụ be gị ka anyị bịara.

**Odenigbo:** Nnọọnụ.

**Ụbadọgụ:** Odenigbo, anyị a chọghị ogologo okwu n'ụtụtụ a. Ọ bụ Chief Mberedeọgụ ziri anyị be gị. Ọ sị ka anyị bịa gwa gị na ndị Nze na Ọzọ dara gị nra otu ehi, ewu na ọgụ ego ise.

**Odenigbo:** Ọ dị mma. Chief Mberedeọgụ ọ sị na m zọgburu ewu ya ka ọ bụ ọkụkọ ya?

**Igwe:** O kwuru na-imebiri iwu obodo anyị site na-iru Chief aka n'iru na-ịkpari ndị Ọzọ izu tata anyị nwere nzukọ be Chief.

**Odenigbo:** Biko mmadụ a sịkwala na mụ ajụba oke ajụjụ. Kedụ ndị bụ ndị Ọzọ? Ọ bụghị unu abụọ, Igwe na Ubadọgụ? Kedụ onye ọ ga-abụrụ ka o die ihe Chief Mberedeọgụ gwara m ya bụ ụbọchị? Igwe, ọ kwa i nwere di ọkpara, Ụbadọgụ nwee, o wee bụrụ

nwa nke m ka a ga-eji aghụghọ wee kpọpụ. Akwa ọkụkọ ọkụ, akwa ọgazi anụ a na-ekwube n'ọkwụ.

**Ụbadọgụ:** Odenigbo, anyị a bịaghị ebe a maka ogologo okwu nke anyị na-abịa maka arumarụ uka. Nanị ozi e ziri anyị zie gị, butere anyị be gị. Ihe mere bụ na ndị obodo nwere ike i bepụrụ gị ewu a dara gị maka ịkparị mụ na Igwe, ma na anyị echeghị na ọ nwere etu a ga-eji dobe ọnụ wee kwube okwu, ka e wepụ ehi na ọgụ ego ise so na nra a. Otu ihe ị ga-aghọta ọzọ bụ na obodo nile, ma onye elu ma onye ala kwụ Chief Mberedeọgụ n'azụ.

**Igwe:** Anyị ga-ana. E mechaa anyị ga-akọrọ Chief etu anyị siri ga.

*(Mgbe Igwe na Ụbadọgụ ga-akwụrụ ọtọ maka ụna, Odenigbo ga-ebunite akpati ya maka i were ihe n'ime ya, nke ọ ga-ebido chọba na ntụmadị)*

**Odenigbo:** Ewo! Oho! Chi m egbue m, lekwanụ o!

**Ụgbọakụ:** *(Ugbọakụ ga-eji ọsọ wee gbabata)* Nna anyị, ọ bụ gịnị mekwara?

**Odenigbo:** Nyegodu efe! Nwanyị a biko nye m efe n'ewu a taa m igu n'isi.

**Ụgbọakụ:** Gịnị? I na-achọ gịnị?

**Odenigbo:** *(Ihe a ga-agbagwoju Odenigbo anya.)* Ọgụ ego iri na ise! Ọgụ ego iri na ise, m dobere, m ga-eji wee kwụ ụgwọ m ji enyi m, Ụzọegbu! Ewo, nanị tata m pụrụ wee chezọọ ịkpọchi akpati a, ka ego a ji wee pụọ. A ga m aga be dibịa Nwaraga ozigbo; ọgwụ 'ọrịa ka njọ n'ọgwụgwọ' ka ọ ga-agwọrọ m.

*(Odenigbo ga-eji iwe wee pụọ, ebe Ụgbọakụ*

*ga-akụnye aka wee na-ekwu okwu miri miri nke ọ ga-eji wee na-atamu.)*

## NKEJI ATỌ

*(N'ụnọ Chief Mberedeọgụ)*

*(Ụzọma ga-anọ na-edozi ụnọ. Nwaobere oge, Igwe na Ubadọgụ ga-eruta kụa aka n'ụzọ.)*

**Ụzọma:** Batabanụ, anyị nọ ya.
*(Ha kelechaa ekele, Igwe ga-ajụ Ụzọma ase Chief)*
Chief nọ ya.
*(Ozigbo ahụ Chief ga-abata.)*

**Chief Mberedeọgụ:** Nnọọnụ. Ihe m jiri kpọọ unu bụ ka unu nọrọ n'oge a ga-eleba anya n'okwu ụmụaka abụọ na-azọ ọkwa ọzọ nna ha, Akụnebu na Nweze.

**Ụbadọgụ:** Kedụ oge e nyere ha?

**Chief Mberedeọgụ:** Oge erugori.
*(Ozigbo ha na-ekwu nke a, Ibe abata, kelee eze, gwa ya na ụmụ okorobịa ahụ a bịala. Chief agwa ya ka ọ kpọbata ha. Ha abụọ abata, keele eze na ndị nze.)*

**Chief Mberedeọgụ:** Ndị a bụ ụmụaka abụọ ahụ chọrọ i ji mma gwugbue onwe ha ebe ha na-azọ onye ga-anọchi ọkwa nna ha.

**Ụbadọgụ:** Em! Kedụ aha gị?

**Nweze:** Mụnwa bụ Nweze.

**Akụnebu:** Aha m bụ Akụnebu.

**Chief Mberedeọgụ:** *(Chief ga-edozi ukwu arụsị ọ ga-egosi ụmụaka abụọ ndị a nke ọ ga-agwa ha n'ọbụ chi nna ha.)*
Ugbu a unu ga e were okwute tụa chi nna unu ugboro atọ n'otu n'otu. Onye ga-atụtakarị ga-abụ onye meriri.
*(Nweze ka a ga-agwa ka o buru ụzọ tụọ)*

**Nweze:** *(Nweze ga-eji obi añuri wee tua ya bu ukwu arusi iche ugboro ato nke o ga-atutacha ya, site n'echiche o nwere na o bu etu ihe nracha si ami. O ga-eji obi añuri wee na a mani elu di ka onye gburu agu)*

Nna anyi, i hugo ya, na o bu m ga-anochi okwa nna m. I hula n'aka a maghi m jijiji ma oli.

**Chief Mberedeogu:** O di mma. Ugbu a, Akunebu o ruole gi.

**Akunebu:** *(Akunebu e bunie okwute elu, gosi onwe ya di ka onye nwere ako na uche site na-atughi chi nna ya okwute ahu. Anya mmiri ga-ejukwa ya anya, tupu o bido ikwu okwu.)*

Nna anyi, o kwesighi ekwesi na mu bu Akunebu, di ka onye nwere ako na uche ga-enwe ike i buni aka elu si na m ga-atu chi nna m okwute.

**Ubadogu na Igwe:** Ehe nwa m. Nke a bu omume nke nwatakiri maara ihe.

**Chief Mberedeogu:** Ndi be anyi, kporokpoto agbago n'iru ehi. Unu a hugo ya. O na-adi mma ka ikuku kue ka a na-ahu ike okuko. Omume Akunebu mere e gosigo ya di ka nwata nwere uche, ebe Nweze mere omume o jiri gosi na ya bu nwata n'ezie. Akunebu naa ka i ga-kwadobe maka ememe inochi okwa eze nna unu.

*(Akunebu na Nweze ga-ekele Chief na ndi ozo. Ebe Akunebu ga-eji obi añuri na-ana, iwe na osukosu ga-ejisi Nweze ike, n'ihi na-okwochara aka wee tiere okuko aku.)*

**Igwe:** Chief, anyi ga-akoziri gi etu anyi siri wee ga be Odenigbo n'izu gara aga.

**Chief Mberedeogu:** Ehe, a ma m n'unu gara nke oma.

**Ubadogu:** Anyi ruru wee gwa Odenigbo etu ndi

obodo jiri daa ya nra otu ehi, otu ewu na nra ọgụ ego ise maka ị kpari Chief na ndị ọzọ. O wee kọba ogologo akụkọ ahụ na-adịba ya n'ọnụ oge ọbụla. Ị ma na Odenigbo bụ ọ hụrụ okwu jụ nri. Etu ọbụla o siri dị, ya bụ ara doro ya ozigbo ọ hụrụ anyị. N'ụdị etu o siri wetue obi wee kwu okwu mere anyị jiri kwe ya nkwa, na e nwere ike iwepu ewu a dara ya maka ndị ọzọ, ebe ọ ga-ahụ na o wetara ehi na ọgụ ego ise.

**Chief Mberedeọgụ:** Gịnị ka unu na-ekwu ihe a? *(Iwe ga ejide ya)* A gwara m unu ka unu na Odenigbo ga tụba alo? Unu a mataghị ihe na-esi? Omume a nile Odenigbo na-ewepụta bụ iji na-egosị m na ya ji ihe. A pụtago m i gosị Odenigbo n'ego ahụ o nwere e kwesighị ị dị na-ebube ya isi. A chọrọ m ka o bupụta ya bụ ego. Etu ọbụla o siri dị, unu ga-anaba ka anyị mara uche ya. Ihe mere bụ nwa atụrụ ga-aga ọgụ osisi, ekwo sikwaa ya ike. *(Ụbadọgụ na Igwe ga-ekele eze, wee naba.)*

*(N'ahịa Eke Ụmụọkpara)*

*(Ndị ahịa ga-anọ na-azụ, na-ere ọtụtụ ihe dị iche iche. Ọ gaghị ete aka, Ọji eduru Nnenna wee zọchie. O bido na-azụnye ya ihe ọbụla ọ tụrụ aka, dị ka akpa, akpụkpọ ụkwụ, uwe, akwa isi, ude na ọtanjere.)*

**Ọji:** Nnenna, otu ihe m ga-agwa gị bụ na-anaghị ari oji kwa ụbọchị, nke mere onye rịa ọjị, ya kpara ya nkụ nke ọma.

**Nnenna:** Ị ma na a bụghị m onye na-aghọta okwu e kwuru n'inu. Kedụ isi nkọwa okwu gị?

**Ọjị:** Nịị nịị, o nweghị ihe siri ike. Ihe m na-ekwu bụ na-ekwụ ekwụ mere ọnụ, eje eje mee ụkwụ. Ihe m na-egosi bụ n'ọbụ ọnụ gị ji gị ugbu a. Taata mụ na gị bịara ahịa, ọ bụ n'ihi gị. Ihe ọbụla ị tụrụ aka ga-abụ nke gị, ozigbo ozigbo.

**Nnenna:** *(Ọ mụrịa, gorie, tube Ọjị aha nile ọ maara a na-etu dike)*

Ọjị, ezị okwu e nweghị m ọnụ m ga-eji kele gị; ya dịbagodụ maka na-erichaghị ajụ kpaa eze.

*(Nnenna ga-ebido na-ekponye nta na ịmo nile Ọjị na-azụnye ya n'ime akpa ya. Ọ gaghị ete aka, Ọjị ahụ nna ya, Odenigbo n'akụkụ ebe ha nọ.)*

**Ọjị:** Nnenna, a gbalaa m! A gbalaa m! Ọ bụkwaghị m nọ ebe a!

**Nnenna:** *(Ụdị omume a ga-agba Nnenna gharịị)*

Kedụ ihe ọ bụ? Ọ bụ gịnị?

**Nwanyị akwa:** *(E jidebe Ọjị ka ọ na-achọ ịgbapụ na-enyeghị ya ego akwa nke ikpeazụ ọzụtaara Nnenna.)*

Lekwanụ okoro! Nwoke m kedụ nke bụ iji ọsọ wee gbapụ na-akwughị ụgwọ ihe ịzụrụ?

**Ọjị:** Biko rapụ, lee nna m, lee nna m, Odenigbo. Ewo! Ewo!

*(Ọjị ga-ekporapụ onwe ya ọsọ n'iru nwanyị ọ zụrụ akwa na Nnenna.)*

## NKEJI ANỌ

*(N'ụnọ Odenigbo)*

*(Odenigbo ga-anọ n'obi iwe. Iru ya ga-agbarụcha dị ka onye ihe mere. Otu ahụ ka ọ ga-anọ, ada nne ya e rute.)*

**Nwandanda:** Oho! Odenigbo, nke a bụzị gịnị?

Nwanne m nwoke Odenigbo!

**Odenigbo:** Nnọọ.

**Nwandanda:** Ụgbọakụ, arụ ọ dịkwa?

**Ụgbọakụ:** Arụ dị -o! Nsogbu adịghị. Nanị ihe dị ka nsogbu anyị nwere bụ na Egondụ aghọgo ọnye a na-achọ achọ.

**Nwandanda:** Egondu emego gịnị? Kedụ mgbe nke a jiri mee?

**Ụgbọakụ:** Ada nne di m gbara m nkịtị, na Egondụ emego ihe ahụ ọ chọrọ ime. Ị mago na ọ bụ ya na nwanne ya, Onyema, dobere m imi na ọnụ etu a ọ dị ugbu a. O tego m jiri gwaba Odenigbo nke a, ọ na-ajụ oyi.

**Odenigbo:** Onye na-ajụ oyi? A sị m gị, onye na-ajụ oyi?

*(Iwe ga ejide Odenigbo nke na ọ ga-afọdụ nwaobere ihe ka o bitụba Ụgbọakụ aka na arụ.)*

**Nwandanda:** Odenigbo wetue obi. E gbula ya bụ mma etu i siri buni aka elu. Ụkwụ ka e ji achọ ihe danyere na mmiri. Cheta na-ijiri ọsọ kpụgbue nnekwu ewu, i jiri isi bube ya. A ga-ahụ nwatakịrị a bụ Egondụ. Ihe mere bụ na anyị ga-aga na nke dibia Nwaaraga jụa ase. Ka m nabagodu.

*(Nwandanda ga-ana.)*

**Ụgbọakụ:** *(Ụgbọakụ ga-abakwute Onyema n'ime ụnọ ebe ọ na-edozi katapotu ya)*

Ohoo, ebe a ka izoro. Gịnị mere na rue ugbu a, na-ịzachabeghị ezi nile? Ọ kwa gị? Egondụ gị na ya na-akpaba nkata n'ụnọ a agbafuola. Ọ fọdụrụ gị. A ga m emegide gị ihe i jiri anya gị hụ ntị gị.

**Onyema:** *(Onyema ga-eji obi iwe wee tinye okwute na*

*katapọtụ ya, chọba ka ọ gbaaa ya Ụgbọakụ n'isi, mkpu ewee pụọ Ụgbọakụ n'ọnụ na ntụmadị.)*

**Ụgbọakụ:** Ewo! Lekwanụ anya o! Nna anyị Odenigbo! Odenigbo, Odenigbo, Odenigbo ị nọkwa ya-o. Onyema egbukwa m!

**Odenigbo:** *(Ọ ga-eji ọsọ wee bata)*
Ọ bụ gịnị? Ọ bụ gịnị? Ada nne m bịa ka i jiri anya gị hụrụ o!
*(Nwandanda agbabata. Mgbe Odenigbo ga na-achọ i kewapụ Ụgbọakụ na Onyema, Ụgbọakụ asugori ukwụ n'ala, wee na-eti mkpu.)*

**Ụgbọakụ:** Oho! Ndị Ụmụọkpara gbatakwanụ o! Odenigbo, ya bụ na nke a bụ izu gị na nwa gị Onyema?
*(Ozigbo ihe ndị a na-afio na-adajunata, Nwandanda ga-adụ nwanne ya Odenigbo ọdụ tupu ọ naba.)*

**Nwandanda:** Nwanne m nwoke, biko ị ga-ama ihe ị ga-eme n'iji dozi be gị. Ị mara ebe ọkụ si ere gị, nọpụ ya. Lee Onyema, ọ bụrụ iduga ya ebe ọ ga-anọ mụba ite nkwụ, mee otu a ka ị nwere onwe gị. Echi a ga m abịa ị mara etu ihe sizi kwụrụ.
*(Nwandanda ga-arapụ naba. Nwaobere oge, Obilọ ga-arute.)*

**Obilọ:** Odenigbo, ndị kwuru okwu sị na ọ bụ nanị ire ka akpụ n'ọnụ oge nile ọ ghara idị njọ. A bịago m maka okwu nwatakiri ahụ. Ndị a na-azụ ahịa mmadụ ga-eji abalị echi wee bịa ebe a maka ị duru Onyema dị ka anyị siri kpaa n'izu gara aga.

**Odenigbo:** Nnọọ! Biko ya bụ okwu a gaghị adabakwa etu anyị siri kpa n'alo. Ihe

ka nte bakwutere nte n'ọnụ. Chief Mberedeọgụ kpọrọ ndị okenye na ndị nze na ọzọ nzukọ wee kwue, na nwa D.C. onye ọcha nọ n'obodo anyị ga-ana ezumike nka. Ọ sị na ọ chọrọ di ọkpara eze ka osoro ya naa, wee kwue, na ya ga-azụ ya ka ọbụrụ ya ga-anọchi ya. Obodo nile wee na-enyo okwu a enyo. Chief Mberedeọgụ nwere nani otu nwoke wee sị na mụnwa dị ka onye na-esote ya nwere ụmụnwoke abụọ ga-edunye otu n'ime ndị a. Ihe m na-eche ugbu a wee bụrụ idunye ya Onyema, ka ewee chụpụ ya bụ aja.

**Obilọ:** Ọ bụ ka o siri mee? Ọ dị mma. Anụ gbapụ taata, echi ka bụkwa nta. A ga m anabagodu. Emechaa anyị ga-ahụ ọzọ ka m mata etu ụbọchị siri dobe ọnụ.

**Odenigbo:** Ihe ị ga-agwa ha, bụ ka ha cheregodu nwaobere oge, ka m mata ihe banyere Chief na okwu ya.

*(Ugbu a Obilọ ga-anaba, kwe nkwa na ya nwere ike ịjụ ase ọzọ tupu izu abụọ n'abịa.)*

## NKEJI MBỤ

*(N'uno ogbako ndị obodo Chief Nwosu.)*

*(Ekwe ga-akụ nke ga na-agwa ndị obodo Ụmụdara nile na Chief Nwosu chọrọ ha n'ama obodo ha. Nwayọọ nwayọọ ọha na eze nile e nwere n'obodo ahụ ga-ebido na-agbakọ, tupu Chief Nwosu erute.)*

**Ndị Obodo:** Eze ga-adị ndụ rue mgbe ebighị ebi.

**Chief Nwosu:** Birikwanụ o!

*(Mgbe mmadụ nile nọdụchaara ala, Chief Nwosu ga-egbupụ isi okwu ọ jiri kpọọ ha.)*

Ndị be anyị mma mma nụ. Mma mma nụ o! N̄ụanụ o! Rienụ o! N̄ụanụ o! Baanụ o! Ọ bụ m kpọrọ unu ka m kọọrọ unu ihe ṅwa D.C. gwara ndị Chief nile dị na mpaghara obodọ a n'izu gara aga. Nwa D.C. kwuru na ya anabala ezumike nkạ, wee sị na ya chọrọ ka ndị Ụmụdara dunye ya otu nwa agbọghọ ya ga-azụ ka ọ bụrụ dibịa Bekee.

**Otu Nwoke:** Eze birikwa o! Biko anyị anụghị nke ọma ihe a ikwuru.

*(Chief Nwosu ga-ebidokwa n'isi kwue ihe nile ndị a ọzọ.)*

**Otu Nwanyị:** Hei, nke a dịkwa egwu. Unu na-ekwu na aghụghọ adịghị na ya bụ okwu? Kedụ ka ọ jiri bụrụ oge ụna nke ikpeazụ ka ṅwa D.C. jiri cheta na ya chọrọ onye ọ ga-edu na?

**Chief Nwosu:** Ihe mere bụ na anyị agaghị eme okwu a, akwụ oforo taata, chaa taata. Onye ọbụla buru okwu a n'obi. Anya ka anyị ga-eji gbaba ogige ị chọta onye anyị ga-edunye nwa D.C.

*(Ụfọdụ ndị mmadụ nwere ike jua ajụjụ tupu onye ọbụla a na-gbasa.)*

# NKEJI ABỤỌ

*(N'ụnọ Odenigbo)*

*(Chienye ga-akụ aka n'ụzọ be Odenigbo. Onye ga-anabata ya bụ Ụgbọakụ)*

**Ụgbọakụ:** Nwanyị ibe m nnọọ. Kedụ ka unu mere?

**Chienye:** Ọ dịghị njọ. Biko ọ bụ gị bụ nne Ọjị? Ọjị nwa Odenigbo?

**Ụgbọakụ:** Ọ bụ m. Ọ dịkwa mma?

**Chienye:** Ọ bụ Ọjị nwa gị ka m chọtara.

**Ụgbọakụ:** Onye ka ị bụkwanụ?

**Chienye:** A bụ m Chienye, nwanyị na-erebe mmanya n'ahịa Eke.

**Ụgbọakụ:** Kedụ ihe ị na-achọrọ Ọjị nwa m?

**Chienye:** Biko, ọ bụrụ na ọ nọ nso, kpọọrọ m ya. Ọ bụ Ọjị dobere m isi etu m dị ugbu a. Otego aka ọ na-abịa añụ mmanya na nke m. Ọ ñụchaa, mgbe ụfọdụ ọ kwụa ụgwọ, mgbe ụfọdụ o jide ụgwọ nke ọ n'agaghị akwụ. Nke ikpeazụ a bụ ụbọchị ya na ụmụ okorobịa ibe ya bịara ñụchaa mmanya, o wee jiri m ụgwọ ego iri na ise rue taata. Eri ụbọchị ahụ, o nwekwaghị onye hụrụ Ọjị anya n'ọdụ ahịa m. Ya bụ ego ka m bịara i were.

**Ụgbọakụ:** Oho nne! I kwuchaala ihe nile dị gị n'ọnụ? Ọ bụghị Ọjị nwa Odenigbo ka ị na-ekwu maka ya. Ndị na-aza Ọjị n'obodo a bụ Ụmụdara juru eju, bara abara. Gaa, chọba Ọjị nke gị na ya na-añụñarị ya bụ mmanya. Kunie naba tupu mụ ele anya n'azụ.

**Chienye:** Gbọọ nne Ọjị, ị chọrọ i gosị m n'anya adịghị m mma? Ị chọrọ ịkọwara m na

| | |
|---|---|
| | mụ amakwaghị Ọjị onye ahịa m? Kpọọrọ m Ọjị. |
| | *(Mgbe ha abụọ nọ na-eweli okwu elu, Ọjị abata. Arụ ama ya jijiji mgbe ọ hụrụ Chienye.)* |
| **Ụgbọakụ:** | Ọjị, nwayị a sị na ọ bụ gị ka ọ chọtara. Ị maara onye ọ bụ? |
| **Ọjị:** | *(Ọjị ga-enyobe iru ya bụ nwanyị enyo ka ga-asị na ọ hụbeghị ya)* Nne, amaghị m ya. |
| **Chienye:** | Oho! Lekwanụ! Lekwanụ nke mmadụ ị kpọ di ya ọgọ ya. Ị sị na-imaghị onye m bụ? |
| | *(Chienye ga-ebili nụsobe ya ọgụ.)* |
| **Ụgbọakụ:** | A ga m anọ be m nọwaa ukwu? Biko zuzupu ebe a tụpu ewenite m aka odo wee biwaa gị isi. |
| | *(Osuji nwanne Odenigbo ga-abata mgbe ọgụ jide, jide, jide a sụrụ. Ha ga-akọkwara ya ihe bụ nsogbu ahụ dara.)* |
| **Osuji:** | Nne, ọ baghị uru ịbịa nụba ọgụ ebe a. Ị ga-anaba, kama gbaa mbọ ka ị bịa mgbe onye nwe ụnọ ga-anọ ya. |
| | *(Chienye ga-ekwere, ma na ya na Ụgbọakụ ga-agbagide onwe ha egbe ọnụ, tụpu o wee naba. Osuji ga-adụkwa Ụgbọakụ ọdụ, ka ọ rapụ ihe nile rue mgbe Chienye ga-erute n'iru Odenigbo.* |

*(Odenigbo ga-anọ be ya. Ụgbọakụ abata kelee ya sị ya na o nwere ihe ya chọrọ ị gwa ya.)*

| | |
|---|---|
| **Ụgbọakụ:** | Nna anyị a sị na awọ anaghị agba ọsọ ehihie na nkịtị. Biko o nwere ihe m chọrọ ị gwa gị n'ụtụtụ a. |
| **Odenigbo:** | Kwube nụ maka na a naghị agwa ntị na a ga-agwa ya okwu. |
| **Ụgbọakụ:** | Eri izu gara aga gị na Onyema nwa gị |

kwaturu m n'ala tie m ihe, arụ m abụkwaghị arụ m ọzọ. Nke ka nke ahụgonu m na-eri ahụ, na ị nakwaghị edetụ ihe m siri ọnụ. M kelee gị ekele, ị gbachi nkịtị, were ntị tụa ahịa. O woro m anya ihe tinyere gị n'ụdi omume a. Ọjị nwa m ahụ ị na-agba izu nzuzo ire, ọ bụghị ihe ga-eme n'ezi na ụnọ a. Ezi okwu, kama a ga-ere Ọjị, mmadụ nile nọ n'ezi na ụnọ a aghọọ ozu. Nke a bụ ihe m chọrọ ikwu. A kpụghị m mmiri n'ọnụ wee na-ekwu nke a.

**Odenigbo:** *(Iwe ga-ejide Odenigbo)*

Nwanyị, ị sị na ndị ole ga-aghọ ozu? Ezi na ụnọ Odenigbo ka i ji ọnụ i ji eri ji eri ede wee sị na ha ga ekpochapụ n'ihi Ọjị nwa gị. Ụgbọakụ, ị ma na ọ bụ arụ ka i kwuru ugbu a? Chegoduru, ka m chee nwaọbere oge wee ghara ịhụ Egondụ, e gosi m gị ihe ọkụ ji ntị oke eme, maka n'ihe ọbụla dakporo ya bụ nwatakịrị bụ n'isi gị ka ọ dị. Nye m efe ebe a. Nye m efe ebe a ozigbo!

*(Ụgbọakụ ga-eji nwayọọ banye n'ime ụnọ ya. Igwe na Ụbadọgụ a kụa aka n'ụzọ, wee bata.)*

**Igwe:** Odenigbo, ọ bụ Chief Mberedeọgụ ziri anyị, ka anyị bịa gwa gị na ozi i ziri anwụrụ ọkụ, e rụọla enuigwe aka. Ọ sị ka a agwa gị na ya anatago ehi ahụ a dara gị na nra, ya bụ na nsogbu adịkwaghị.

**Ụbadọgụ:** Nke ọzọ wee bụrụ na ọ sị na ya agbagharala gị iweta ọtu ewu na ọgụ ego ise ahụ a dara gị iche maka ikpari ndị ọzọ. Kama ọ sị ka adọọ gị aka na

nti ka ihe ahụ mere ghara i mekwa ọzọ.

**Odenigbo:** Dọọ onye aka na nti? Unu achọbakwa m ọzọ? Kama i dobe ọnụ ọtu a a kpụnye m unu ewu, ye unu ọgụ ego isė. A ga m asị na nke taata, na Odenigbo bisi ike ka dimkpa.

**Igwe:** Odenigbo, ya bụ ihe akpabakwa gị ọzọ? Kedụ nke bụ ana-agwọ nsi odo anya, ị na-apịnye ya ose? I nwere ego, ma na Odenigbo, ka m jụa gị, i chiela ọzọ? Ị kwago nna gị nwụrụ? Ya bụ, biko sepụ ọnụ n'okwu ị bara ogaranya, ị bara ogaranya.

**Odenigbo:** A ga m eji anya doro edo wee na-elegodu izu unu na Chief Mberedeọgụ. Onye n'ime unu ka a ga-pụchara dị ọkpara ya, dunye nwa D.C., o kwe? Chief ọ ga-ekwekwa ka m dunye onye ọbụla, ma ya bụrụ nwoke?

**Ụbadọgụ:** Isi nile bụ isi. Otu nwaokorobịa ka obodo chọrọ site n'aka gị. Ọ masị gị, gaa zụta mmadụ azụta.

*(Ugbu a ka Ụgbọakụ ga-eji bata, kelee ndị bịara be ha.)*

**Ụgbọakụ:** Ndị ichie, ọ bụ ihe a ka m kpụ n'ọnụ eri oge. A na m ekwu ka arapụ Ọjị nwa m ka anyị tinye anya na mmiri wee chọba nwata ọbụla a ga-akpọnye nwa D.C.

**Igwe:** E nyela nsogbu. Ihe ana-amaghị ka e mere, ka a ga-eme ya dị. Anyị ga-ana.

*(Igwe na Ụbadọgụ ga-arapụ naa)*

**Ụgbọakụ:** Nna anyị bikọ, lekwa ikpere m n'ala. Ihe m na-arịọ gị ugbu a bụ ka ị kporo okwu ọjọọ nile a na-ekwu eri oge,

ghanye n'ohịa. Biko. A sị na ọ bụrụ na mmehie a dịghị na mgbaghara a gaghị a dị. E gbugo m ọkụkọ nke iji tie gị aka n'obi.

**Odenigbo:** A nụgo m ihe i kwuru. Ma chetekwa n'onweghị ihe dị ka ajọ ọnụ. I makwa na-eji ọnụ egbu ọchụ? Nke gịnwa bụ Ụgbọakụ ị sapụ ọnụ Chineke nyere gị wee sị na ezi na ụnọ Odenigbo ga-ekpochapụ. Ọ bụrụ ọgwụ n'ọgaghị ere. E chetara m ihe ada nne m gwara m ogē m na-achọ ịnụ gị . . . kama . . . ya dịba.

*(Ụgbọakụ ga-apụ, weta ozu ọkụkọ ọkwadọbere maka di ya, bunye ya ya. Odenigbo ga e ji obi mgbanwe, nara ya ọkụkọ ahụ, wee tọba.)*

**Odenigbo:** Ihe mere bụ na iru ọma ka nwanyị ji anata di ya ihe. Rapụ, na nsogbu adịghị. Onye mụ na ya kọnyere aka wee na-awụ ogba bụ Chief Mberedeọgụ.

*(Mgbe ha na-ekwu nke a, Nwandanda ga-erute ọzọ.)*

**Nwandanda:** Nwanne m nwoke, a sị na a naghị arapụ ihe dị n'anya wee na arahụ ụra. Ndị Igbo na-ekwukwa na ntị anaghị ezu ike ma akụ agwụghị n'ọnụ. Kedụ, a hụgo Egondụ?

**Odenigbo:** Ebee ka ahụrụ ya?

*(Ọ ga na-agakwa n'iru na-ata anụ ọkụkọ ya.)*

**Nwandanda:** Ị na-achọ ihe ha ka mmadụ, wee nọrọ ebe a na-ajịwa anụ ọkụkọ. Chi efokwara efo tupu ị na-adọkarị anụ a?

**Odenigbo:** Nwanne m nwanyị, rapụ okwu. Ọ bụrụ na akpịrị gị dị na ya, lee were. . . .

*(Ọ ga e nyebe ya anụ ọkụkọ ma na ọ ga-asị ya na ọnụ agbachabeghị ya ị ta anụ n'ụtụtụ a. Nwaobere oge, ihe ha ga-anụ bụ ka a kụrụ aka n'ụzọ.)*

**Odenigbo:** Batabanụ o. Ewo ndị ole ka unu bụ?
*(Ọ ga-ajụ ụdị ajụjụ a maka na-ọhụbeghị mmadụ abụọ ndị a n'ụnọ ya.)*

**Nnenna:** Nna anyị, aha m bụ Nnenna. Onye nke a mụ na ya so bụ enyi m nwanyị. Aha ya bụ Ụnọma.

**Odenigbo:** Unu si ebee?

**Nnenna:** Anyị bụ ndị obodo a. Mụnwa bụ nwa Kenechukwu, Ụnọma bụrụ nwa Ụkadike.

**Nwandanda:** Nnọọnụ ụmụ m.

**Odenigbo:** Kedụ ije unu?

**Nnenna:** *(Ntachi ka Nnenna ga-eji wee za ajụjụ a n'ihi na ya bụ ije a dịghị etu ha tụrụ anya ya.)*
Anyị . . . a . . . anyị na . . . e . . . echu mmiri, wee sị ka anyị bịa kelee Ọjị.
*(Odenigbo ga-akpọ Ọjị. Ọjị a gbata, bịa nyoo anya, hụ Nnenna, wee mịpụkwa ozigbo ahụ.)*

**Odenigbo:** Kedụkwanụ ebe Ọjị tinyere isi? Biko, ụmụ m, unu nwere ozi?

**Nnenna:** O nweghị. Ọ bụ nanị ikene ya ka anyị jiri bịa.

**Odenigbo:** Ọ dị mma. Mgbe ọ batara, a ga m agwa ya na unu bịara. Nọdụnụ mma.
*(Nnenna na Ụnọma ga-anaba.)*

**Nwandanda:** Nwanne m nwoke, kedụ nke Ọjị na ụmụ agbọghọ dị otu a na-akpa?

**Odenigbo:** Ada nne m soro m hụba. Enwe sị n'ọbụ nanị nwa nke ya bu n'afọ, ka ya ga-agbachitere, ma ọ bụrụ nke ọkwọ n'azụ, na ya a gaghị agọchitere ya

maka na ya agaghị ama mgbe ọ nọ ya n'azụ ghọrọ ụtụ. O tego m bidoro wee na-enyo Ọjị na omume ya, ma na Ụgbọakụ anaghị ekwe m megharịa arụ dị ka di nwe ụnọ.

**Nwandanda:** Rapụ, ọ bụ íje enu ụwa. Chịnchị sịrị ụmụ ya na ha ga-enwe ndidi, n'ihi na ihe dị ọkụ ga e mechaa jụa oyi. Ka anyị na-arịogodu Amadịọha ka ọ gosị anyị ebe anyị ga ahụ Egondụ.

*(Ugbu a Nwandanda ga-anaba)*

## NKEJI ATỌ

*(N'ụnọ Chief Nwosu)*

*(Chinyere ga-anụ mkpọtụ, n'akụkụ ụnọ ebe ha bi. O ga-aga nyoo, wee hụ nwa agbọghọbịa kere ekike ka onye ara ebe ọ na-ata ọka na akụ bekee okechiri n'akwa o ji. Ihe a ga-agba Chinyere gharịị.)*

**Chinyere:** Nne, onye ka ị bụ? I si ebee wee bịa?

**Egondụ:** *(Egondụ ga-ele ya anya, gbachi ya nkịtị, na-atara onwe ya ọka na akụ bekee ọ na-ata. Chinyere ga-anaghachi ga-kpọọ nne ya. Nne ya ga-eso wee ga hụ ya bụ nwa agbọghọbịa ebe ọ nọ n'azụ ụnọ.)*

**Ekemma:** Nwa m kedụ? Onye ka i bụ?

**Egondụ:** *(Egondụ agaghị ekwu okwu. Nanị ihe ọ ga-eme bụ ibebe akwa. Ekemma ga-eduru ya bata n'ime ụnọ maka ị mata onye ọ bụ.)*

**Ekemma:** Fichaa anya mmiri. Kọọrọ m ebe i si na onye ị bụ.

**Egondụ:** *(Egondụ ga-akoro ya akụkọ banyere ndụ ya. Etu nne ya jiri nwụa, na etu nwunye nna ha siri wee na-echi ha imi na ọnụ n'ala. Etu o jiri kara ya mma ịgbapụ tụpụ nwunye nna ya bụ Ụgbọakụ e jiri aka gbue ya. Etu ọ na-abụ*

*o sichaa ofe, ọ wunye mmiri n'ofe nke ha ga-eji ri nri nke ha.)*

**Ekemma:** Nna gị ọ maara ebe ị chọrọ igbaga?

**Egondụ:** Nanị onye maara na m ga-agbapụ bụ Onyema, ma na ọ maghị ebe m ga-agbaga. O tego m jiri si Ụmụọkpara wee zọpụ, wee soro ụzọ na-aga. A kwụsịrị m ebe a maka i zuru ike tupu m ga-amalitekwa ije.

**Ekemma:** Chinyere, ikpọrọ nwatakịrị a, nye ya mmiri ka ọ saa arụ, ị chọrọ ya erimeri. *(Ha ga-apụ. Mgbe Chief Nwosu batara, Ekemma ga-akọrọ ya banyere Egondụ. Ọ ga e gosịkwa ya Egondụ ahụ.)*

**Chief Nwosu:** Nwa m, ị sị na ị bụ nwa onye?

**Egondụ:** A bụ m Egondụ nwa Odenigbo, onye Ụmụọkpara.

**Chief Nwosu:** Ọ dị mma. Nnọ a.

## NKEJI ANỌ

*(N'ụnọ Odenigbo)*

*(Odenigbo ga-anọ nanị ya. Nwaobere oge, Ụgbọakụ ga-abata.)*

**Ụgbọakụ:** Nna anyị a gbara m ụzọ wee pụa n'ụtụtụ a. Ebe m gara bụ be nwanyị mmanya ahụ – ọ sị na ya na-àzá gịnị – Chienye?

**Odenigbo:** Kedụ nke gị na ya?

**Ụgbọakụ:** A gara m kwụa ya ego iri na ise ahụ ọ sị na Ọjị nwa m ji ya. Ihe mere m jiri mee otu a bụ maka iji wee gbochie ihe ihere. O woro gị anya na ahà anyị na-atọba ndị mmadụ ụtọ, nke mere na ọ na-ewube ewu, n'obodo a bụ Ụmụọ-kpara. Ị ma na ndị na-aza Ọjị na ya kariri aja dị n'ala? Ị ma na enwere

Ọjị nwa Okoronta, nwee Ọjị nwa Okeosisi, nwee Ọjị nwa Okonkwọ, Ọjị nwa Nweke, Ọjị nwa Eneogbu na Ọjị nwa Ọsọndụ. Ma onye nke ụwa nile na-akpụ n'ọnụ bụ Ọjị nwa Odenigbo. O kwere m ghọta n'ihe mere nwanyị mmanya ahụ jiri bo Ọjị nwa m, na ọ bụ ya zụrụ ya mmanya bụ maka na o woro ya anya na ego dị.

**Odenigbo:** Ị na-ekwu elu, ekwu ala, ihe m maara bụ na a gaghị m a gọchiri onye ọbụla. Lee, n'ụtụtụ a, ka ụmụagbọghọ abụọ bịara ebe a oge ada nne m nọ ya. Onye ka ha chọtara? Ọjị. Eri mgbe ahụ, anya m ahụkwaghị Ọjị ọzọ; o si azụ ụnọ soro ha pụa, Odenigbo amaghị.

**Ụgbọakụ:** Nna anyị, ị ma etu ụmụaka si eme. Ọ ga-abụ n'ụzọ mmiri ka ha hụrụ onwe ha. Ị hụgo Ọjị ebe ya na ụmụagbọghọ so? Ị maara na o nwere ụfọdụ ụmụaka riri ukwụ nkịta, nje nje na-atọba ụtọ. Ọ bụ ụdị ndị ahụ bịara ụdị ije a. Ọjị nwa m aghọbeghị ajọ nwa.

Emume Ise

## NKEJI MBỤ

*(N'ụnọ Chief Nwosu)*

*(Chief Nwosu ga-anọ nanị ya n'oche eze ya mgbe oriakụ ya bụ Ekemma ga-abata.)*

**Chief Nwosu:** Ekemma nọrọ ala. Otu ihe na-ewutebe m oge ọbụla bụ mmadụ ị nọrọ mmadụ mmadụ, wee na-esi mmụọ mmụọ. A bụghị m onye na-abụ o kwuchaa okwu ọ daa mmiri.

**Ekemma:** Nna anyị n'ụdị dị añaa?

**Chief Nwosu:** Legodu, eri izu abụọ m gwara ndị obodo okwu, ka ha chọta nwa agbọghọ a ga-edunye nwa. D.C., rue ugbu a mụ na gị nọ, o nweghị otu onye bịagoro wee gwa m lekwa mbọ ha na-agba. E mere m ka ha mata na ego abụghị ihe ndachi ụzọ n'ime okwu a. Nke ka nke, ozi erutego m nti, na ndị Ụmụọkpara achọtago otu nwoke ha ga-edunye D.C. maka na etu e siri wee kee ihe a, ihe e nyere anyị bụ nwaagbọghọ, wee nye ndị Ụmụọkpara, otu nwaokorobịa.

**Ekemma:** Ezi okwu? Nna anyị biko a sịkwala na ajụjụ akarịa m n'ọnụ, ọ bụrụ n'anyị achọtaghị mmadụ, gịnị ka nwa D.C. ga-eme?

**Chief Nwosu:** Ihe nwa D.C. ga-eme ka ị na-ajụ m? O nwere ihe ọzọ ọ ga-eme, n'abụghị ị bịa, dọkpụrụ Chinyere nwa gị?

**Ekemma:** E kwukwala ihe a. Otu nwa m ji. Anị be anyị a gaghị ekwe.

**Chief Nwosu:** A na m agwa gị a gwala mmadụ?

Kama, otu ihe na-agbata m n'obi bụ ị gà nụta otu nwaagbọghọ, kpọọ ya nwunye m. M kwụchaa ụgwọ nile dị n'isi ya, e duru m ya dunye nwa D.C.

**Ekemma:** Nna anyị biko a na m asị ka anyị ~~muchie anya kpọnye ya nwatakịrị~~ a bụ Egondụ gbabatara be anyị. Ị ma na-asị na anụ a na-egbubeghị a naghị aghọ anụ. Ka anyị were mgbabata nwatakịrị ahụ gbabatara be anyị dị ka i nweta ihe ahụ a na-achọ n'uko elu, nke a hụrụ n'uko ala.

Ka anyị jiri ya chụa ya bụ aja. A sị na ọ bụghị otu a, a gara m ikwu ka anyị na ya bibe, bụrụ ọmalịcha agwa na omume o nwere.

**Chief Nwosu:** Oho! A ga m akwado nke a, maka i dupụ Chinyere bụ ị gbara aka nwa. Biko, kpọọ ya bụ nwatakịrị.

*(Nwaobere oge, Egondụ na Chinyere ga-apụta, kelee Chief na oriakụ ya.)*

**Chief Nwosu:** Egondụ, ọ kwa ọ ga-atọ gị ụtọ, ka anyị na gị bibe?

**Egondụ:** Nna anyị, ọ ga a dị m mma, maka na ị naghachi azụ be Odenigbo bụ ị ga ribe ahụhụ ka a na-eri ji.

**Chief Nwosu:** Ọ dị mma. Biko ị ga-ewere onwe gị ka ada eze. Onye jụọ gị onye bụ nna gị, ị ga-agwa ya na ị bụ ada Chief Nwosu. Ị nụla?

**Ekemma:** Nna anyị, ma onweghị uwe dị ka onye ga-abụ ada eze.

**Chief Nwosu:** *(Chief Nwosu ga-eweputa ego nye oriakụ ya.)*

Were ego a, gaa ka a zụtara ya ụdị uwe dị iche iche, nke ọ ga-abụ o yiri, ọ dị ka nwa Chief. A ga m egburu nna m

Amadịọha ebuni maka iji wee kelee ya maka ị zọpụta m n'aka ọnwụnwa a gaara ịbịa. Onye na-amaghị ebe mmiri bidoro mabA ya a naghị ama ebe ọnọrọ kwụsị. Legodu, n'izu gara aga, ebiili mmiri chọrọ ị napụ ndị ahịa m ibu m, mana nna anyị Amadịọha e kweghị. Taa, o si n'elu, o si n'ala, nwa agbọghọ ana-achọ etu a ga-esi nweta, jiri ụkwụ ya zọchie ebe a.

*(Ugbu a Ekemma ga-aba ụnọ. Ihe a ga-ahụzi bụ Egondụ ebe ọ nọ na-eri nri, na-akwa ụwa ya, ebe ọ na-echeta nwanne ya, Onyema; Chinyere ga-anọkwa na-akasi ya obi.)*

**Egondụ:** Legodu ọmalịcha erimeri m nọ ebe a wee na-eri nanị m. Ọ bụrụ na m maara, n'ihe nwere ike ị dịrị m otu a, a garaa m ịgwa Onyema nwanne m, ka anyị abụọ soro gbapụ otu oge.

**Chinyere:** Egondụ, a gwala m gị, rapụ iche echiche banyere Onyema. Chetakwa n'ehi enweghị ọdụdụ, na ọ bụ chi ya na-achụrụ ya ijiji. Matakwa na Chineke a naghị echefu onye o kere. Chi Onyema gạ na-edu ya.

March 4

## NKEJI ABỤỌ

*(N'ụnọ Odenigbo)*

*(Odenigbo ga-apụta kpọọ oriakụ ya.)*

**Odenigbo:** O nwere otu okwu dị mkpa m chọrọ i kwu ugbu a.

**Ụgbọakụ:** Kedụ ihe ọ bụ, maka n'okwu a naghi ano n'afọ a di njọ?

**Odenigbo:** Ị hụgo na ọ bụ taa ka Chief

you must speak out before I decide

Mberedeọgụ chọrọ ka e dụtarạ ya onye ahụ a ga-akpọnye nwa D.C.

**Ụgbọakụ:** A maara m.

**Odenigbo:** Ọ gaghị ete aka mgbe ndị ichie ga-abịa maka i duru onye ọ ga-abụ. A na m eche, ka anyị duru Ọjị na Onyema wee gaba, maka na eduru nanị Onyema, o nwere ike iji ire ya gua eze ya ọnụ wee mata na agwọ nọ na akịrịka nke nwere ike ime ka ọ gbaa ọsọ n'ụzọ.

**Ụgbọakụ:** Nna anyị Odenigbo, ị bịala ọzọ? A gwagọ m gị, raa ka i jị. Kedụ nke bụ i kwuru rịa elu i kwuru rịdaa ala? Kedụ ka ị ga-esi duru Ọjị nwa m wee gaba be Chief Mberedeọgụ? Ị maghị na o nwere etu okwu ga-esi daghariba, onye bụ ụzọ a ghọọ onye kpe azụ, onye kpe azụ a ghọọ onye bụ ụzọ? Ị maghị n'onwere ike rue ebe ahụ, ya bụ uta ama Ọjị, o wee bụrụ na e si na nkute utaba wee banye ọdụ ji, Ọjị aghọọ onye a ga-edunye nwa D.C.?

*(Mgbe ha abụọ ga-anọ na-arụ onwe ha uka, Nwandanda ga-abịa. A ga-akọkwara ya ihe bụ isi okwu.)*

**Nwandanda:** Nne, a ghọtara m ihe Odenigbo na-ekwu. Ị maghị na-eduru Onyema gwa ya ka ha gaa be Chief Mberedeọgụ n'onwere ike pụta n'ụzọ rie mbọ mbọ? Gịnị ga-eme? E wee bịa kpụrụ Ọjị, ị ghọọ onye gba aka nwa. Kwere ka Ọjị na Onyema soro gaa, maka na ọ bụ anya okenye ji ahụ ihe, ka anyị ji ekwu nke a.

*(Mgbe Nwandanda kpu okwu n'ọnụ, Igwe na Ụbadọgụ ga-abata.)*

**Igwe:** Odenigbo, ndị kwuru okwu sị n'ụka a kpara akpa, na-eji isi ekwe ya. Ọ bụzi maka ị ga na nke Chief.

*(Odenigbo ga-akpọ Onyema na Ọji. Ha ga-ekelekwa ndị biara be ha.)*

**Odenigbo:** Ọjị, o nwere ihe m zụtara unu ga-eso wee ga-butere m be Chief Mberedeọgụ. Gaanụ kwadoo, chọtanụ ajụ.

*(Ozigbo ha ga-apụta, ha nile ga-ebili wee gaba be Chief Mberedeọgụ.)*

**Ụgbọakụ:** Ada nne di m, obi m na-agwa m n'aghụghọ dị n'ihe a. O woro m anya n'Odenigbo a gaala idunye Chief Mberedeọgụ Ọjị, nwa m. O mee nke a, egbue m ya, ga kwụọ ụdọ, ezi na ụnọ Odenigbo echie, maka na a gaghị m anọ ndụ wee hụ nke a.

**Nwandanda:** A gwala m gị, e nyela nsogbu. A maghị m etu ị na-esi wee na-echebe uche. A chọghị m ị nụ ụdị okwu a n'ọnụ gị ọzọ.

*(Nwandanda ga-ebili jiri iwe wee naba.)*

**Ụgbọakụ:** Nne ka emesịa. *(Ụgbọakụ ga-ebido na-atamu.)* Ihe mere bụ na a maara m dibịa Nwaaraga nke ọma. O sie ike, ebe ahụ ka m ga-aga, weta ọgwụ m ga-eji wee dunaga Odenigbo, dunaga Onyema, wee marazịa ihe m ga-eme onwe m, ebe Egondụ jigoro aka ya wee mee onwe ya, onye a na-achọ achọ.

## NKEJI ATỌ

*(N'ụnọ Chief Mberedeọgụ)*

*(Odibọ Chief Mberedeọgụ ga-abịa gwa ya na ndị ichie abịala. Ọ ga-*

*agwa ya ka ha bataba ozigbo, Odenigbo, Onyema, Ọji, Igwe na Ụbadọgụ ga-abata.)*

**Odenigbo:** Chief, lee ụmụ nwoke abụọ m mụtara. Nke a bụ Onyema. Onye nke ọzọ bụ Ọjị.

**Chief Mberedeọgụ:** Ọ dị mma. Nnọọ.

**Odenigbo:** A chọrọ m ka m kpọnye gị Onyema. Ọjị bịara nanị ndute.

**Chief Mberedeọgụ:** Onye nke m chọrọ bụ Ọjị, maka na Ọjị a bụghị mmadụ!

**Odenigbo:** Oho! Oho! Chief ị biakwa ọzọ? Kedụ ajọ ihe nwa m Ọjị na-eme? Ị hụla Ọjị ebe ọ na-eme aka ntụtụ? Ihe ka mma bụ ka ị saa ọnụ, kwue hoo haa n'ịchọghị ka Ọjị nọrọ n'ala a. Ọ bụghị n'Ọjị bụ ajọ nwa. Ọ bụ mụ na gị mụrụ ya?

**Ụbadọgụ:** Odenigbo, biko wetue obi. Ka anyị jirinọọ obi ọcha na obi nghọta wee sobe ihe a anyị bịara maka ya.

**Onyema:** Eze ga-adị ndụ rue mgbe ebighị ebi.

**Chief Mberedeọgụ:** Nwa m.

**Onyema:** O ga-adị m mma ka m gaba ebe ahụ ana-ekwu maka ya. Ọ bụrụ onwụ, ọ bụrụ ndụ, ka m hụ ya, karịa ị nọrọ ndụ, nwunye nna m ana-echi m imi na ọnụ n'ala. Nwanne m bụ Egondụ e jigoro n'ihi mmegbu nwanyị ahụ na-emegbu anyị gbapụ nke n'onweghị onye maara ebe ọ nọ tata.

**Chief Mberedeọgụ:** Ndị be anyị unu e jigoro anya unu wee hụ, jikwara ntị unu wee nụ. Kedụ ihe bụ uche unu?

**Odenigbo:** Ọ bakwaghị uru ịjụba ajụjụ n'okwu a maka Onyema e jigoro ọnụ ya wee kwue na ya ga-aga.

**Chief Mberedeọgụ:** Ọ dị mma. Onyema, bido taa, ị ga na-aza Onyema Mberedeọgụ. Aha a ka ị ga na-aza rue mgbe ị ga-anaghachi.

**Igwe:** Onyema, ị nụgo ihe Chief kwuru?

**Ụbadọgụ:** Onyema, onye mụrụ gị?

~~**Onyema:** Odenigbo.~~

*(Ha nile achịa ọchị.)*

**Igwe:** Ihe mere bụ na nwayọọ nwayọọ ka ọ ga-eji wee mara ya arụ.

*(Ugbu a Chief Mberedeọgụ ga-akpọ Uzọma ka ọ bịa duru Onyema, duba ya ụnọ maka isa arụ na iri erimeri.)*

**Chief Mberedeọgụ:** Unu ga-anaba. A ga m akpọ unu ụbọchị nwa D.C. ga-ezite ozi na ya ga-abịa.

*(Ndị a nile ga-ebili naa)*

## NKEJI ANỌ

*(N'ụnọ Odenigbo)*

*(Odenigbo ga-anọrọ na-egosị iwe dị ya n'obi. Nwaobere oge, Nwandanda ga-abịa.)*

**Nwandanda:** Nwanne m nwoke, otu ihe na-ewute m ebe ị nọ bụ na mgbe ụfọdụ, obi nwanyị esikarịa obi gị ike. Kedụ nke bụ oge nile, ị na-echegbu onwe gị. Lee, onye hụrụ gị izu abụọ taa, ọ ga-ekwe n'ọbụ gị bụ ihe a? Ezi okwu, obi a dịkwaghị m mma otu a i si atazi arụ.

**Odenigbo:** Kedụ onye ọ ga-abụrụ, obi a dị ya mma, ebe okwu wee tufue ụmụaka abụọ? Lee, Egondụ efuola. Onyema esobego nwa D.C.

**Nwandanda:** *(Nwandanda ga-emebi iru ya buru obi nwute)*

Ewo, ya bụ na-ahụbeghị Egondụ? Ị

gazikwara na nke dibịa Nwaraga?

**Odenigbo:** A gara m. Dibịa Nwaraga kwuru na Egondụ anwụghị anwụ.

**Nwandanda:** Ezi okwu? Chukwu meenu ebere.

**Odenigbo:** Ọ gwara m na Egondụ gbagara be otu nwoke bụ ogaranya, ma n'okwughị aha nwoke ahụ ma ọ bụ aha obodo ya.

**Nwandanda:** Ezi okwu? Ebe ọ bụ na ọ dị ndụ chaa chaa, ka anyị na-elegodu anya maka n'onweghị ihe gbara Chineke gharịị.

*(Ụgbọakụ ga-abata, kelee Nwandanda.)*

**Ụgbọakụ:** Nne, ị nụla etu Onyema siri wee jezi. A pụta a sị n'Ụgbọakụ emee. Nke a a ga-asịkwa n'ọbụ Ụgbọakụ mere ya; n'ọbụ Ụgbọakụ dupụrụ Onyema?

**Nwandanda:** Ihe mere bụ na ị ga-ewepụzi uche gị, Onyema a sịkwa gị, Onyema asịghị gị.

*(Ugodie bụ nwanne Ụgbọakụ so akwado ya ga-abata, kelee mmadụ nile.)*

**Ugodie:** Odenigbo, a hụgo m aka gị. Ọ bụ gị bụ ome ka o kwuru. Nwoke ka ị bụ. Ugbu a ka i mere ihe etu nwoke si eme ihe. Ọ bụkwaghị oge nile ito n'ịdị na-ajụ, gịnị ka a ga-eme Onyema, gịnị ka a ga-eme Egondụ?

**Odenigbo:** *(Odenigbo ga-akọrọ ya etu ha siri wee gaa be Chief Mberedeogu.)*

**Nwandanda:** Ọ dị mma otu a. Ọ bụrụ ọnwụ, ya gaa nwụa, ka gị na Ụgbọakụ bibezia n'udo.

*(Nwandanda ga-ewere aka nri Odenigbo, bụsa ọnu mmiri n'ala, sekpunye ya Ụgbọakụ)*

Ụgbọakụ, lee di gị, Odenigbo nwanne m. Ị chụpụla Egondụ na Onyema, ka gị na Ọjị nwa gị dasaa ribe, ñụba.

*(Iwe ga-ejide Ụgbọakụ bụrụ etu*

*Nwandanda siri dobe ọnụ wee na-agwa ya okwu.)*

**Ụgbọakụ:** Lekwa nke mmadụ ị nọrọ be ya, nọwaa ukwu. Biko nne, naba be di gị. Onyema na Egondụ nọ ebe a wee na-achọ igbu mụ na Ọjị nwa m, gịnị ka i mere? Ọ chọghị igba ọsọ sị na arara ya anya. Onye chụpụziri ha? Ị maghị na ọ bụ ajọ omume ha, maka na-asị na onye ajọ omume na-agba ọsọ mgbe n'onweghị ihe na-achụ ya. Ị ga-arapụ be di gị, bịa be di nke m i tiri m iwu?

*(Odenigbo ga-eji iwe wee chọọ i bitụ Ụgbọakụ aka.)*

**Odenigbo:** Ọ bụghị ihe m chọrọ bụ ihe a. Ụgbọakụ, i bidokwa? Ụgbọakụ, osukwara gị n'isi ọzọ? Ọ bụrụ na i fighị aka abụọ n'anya, a ga m emefụ gị n'ụnọ a.

**Nwandanda:** Rapụ onye ara ka ọ na-amaja okwu. A ga m ana. Ka anyị na-egezi ntị mara ebe Egondụ nọ.

*(Nwandanda ga-anaba.)*

**Ụgbọakụ:** *(Añụrị ga-eju ya obi.)*
Ugodie nwanne m nwanyị, biko soro kelebere m Odenigbo etu o siri jiri uche okenye ji eme ihe wee wepụ Onyema n'ụnọ a. A ga-asị na Onyema bigidere n'ụnọ a, mụ na Odenigbo ga-anwụ n'oge e rughị eru.

**Odenigbo:** Ọ bụghị Odenigbo nke m.

**Ugodie:** Odenigbo, ị nwàala. Ugbu a ka gị na Ụgbọakụ nwanne m ga-enwezi ike añụ mmiri, ekobe ọba. Ị makwa n'ọbụ nzọpụta ka Ụgbọakụ zọpụtara gị n'aka Onyema na Egondụ. Ụmụaka abụọ ndị a gaara ikpa unu eze, ma a sị na-arapụrụ ha, ha nọrọ ebe a wee ghọọ mmadụ.

**Odenigbo:** Ọ dị mma. Rapụzienu ihe nile otu a. Ihe bụ uche Chukwu ya mee. Ọ nweghị ihe anya hụrụ gbaba ọbara.

**Ugodie:** Odenigbo, e kelee m gị n'akwa nile i zụtaara nwanne nwanyị. Nke a bụ mbido añụrị unu abụọ ga na-enwe. Ka m laa.

*(Obilọ ga-abata.)*

**Obilọ:** Ọ bụ maka okwu ahụ ka m jiri bịa. Lee ego ndị ahụ wetara maka i ji kwụ ụgwọ nwatakịrị ahụ.

**Odenigbo:** Nnọọ. Ihe mere bụ n'ihe ka nte bakwutere nte n'ọnụ. Ndị obodo anyị bụ Ụmụọkpara gbara izu wee kwue ka ọ bụrụ Onyema ka a ga-edunye nwa D.C. Izu gara aga ka e dupụrụ ya. Nanị otu nwa ka m jizi ugbu a. Anyị ga-arapụzi ya bụ okwu maka n'ihe na-ekweghị ị ga-aga, a naghị ekwe ị nyanye n'ọnu.

**Obilọ:** Ọ bụ ka o siri mee? Ọ dị mma. A ga m aga ebe ọzọ wee bido jụba ase.

*(Obilọ ga-arapụ, laa.)*

Emume Isii

# NKEJI MBỤ

*(N'ogige ọgbakọ ndị Obodo)*

*(Ndị obodo Ụmụọkpara ga-eji nwayọọ nwayọọ, wee na-abata n'ogige ọgbakọ ha. Ndị puta, ha ekelee ibe ha. Ndị ikpeazụ ga-abata ga-abụ Odenigbo na ezi na ụnọ ya na ndị nke Chief Mberedeọgụ. Nwaobere oge onye 'Court Clerk' ga-erute wee gwa ndị obodo na nwa D.C. abịala nso. Ihe a ga-ahụzi bụ dimkpa anọ bu nwa D.C. ebe ha n'erute. Ozigbo ahụ, onye ọbụla ga-ebili ọtọ na-ekele D.C. Mgbe ọ ga-ebido ikwu okwu, 'Court Clerk' ga na-akọwa ya na asụsụ Igbo.)*

**D.C.:** I want to do a favour to this town by training Chief Mberedeọgụ's son to succeed me as the D.C. following my retirement.

**Court Clerk:** A chọrọ m imere ndị Ụmụọkpara otu ihe ga-abara ha uru, nke bụ izụ di ọkpara Chief Mberedeọgụ dị ka nwa D.C. ga-anọchi m mgbe m nabara ezumike nka.

**D.C.:** Do you like it?

**Court Clerk:** O masikwara unu?

**Ọha na Eze:** E-e-e!

**D.C.:** Chief, I hope you are in full support of this idea?

**Court Clerk:** Chief e ji m n'aka na i kwadosiri amumaa ike?

**Chief Mberedeọgụ:** A kwadoro m ya.

**D.C.:** Any questions?

**Court Clerk:** O nwere ndị chọrọ ịjụ ajụjụ?

**Onye Ichie:** A chọrọ m. Biko, gwa nwa D.C. na mụnwa na-ajụ nke a. Eri oge ka ọ n'abụ ọ gaa ezumike, ọ naghachite, ọ gaa ezumike o naghachite, kedụ etu o jiri bụrụ nke a ọ na-agaghị a nag-

hachite azụ ọzọ, ka ọ ga-achọba onye a ga-akpọnye ya? Kedụ ka anyị ga-eji mata n'ezie na ọ ga-akpọghachite onye ọbụla anyị ga-edunye ya azụ?

**Court Clerk:** You always go on leave and now you are going home finally, you are looking for someone who will go with you, why? What will convince us that whoever that goes with you will eventually come back?

**D.C.:** No problem. He will surely come back.

*(Ọtụtụ ndị ọzọ ga-ajụkwa ya ajụjụ dị ka – ọnwa ole ọ ga-azụ ya, ma ọ bụ gịnị butere na a gaghị ebute akwụkwọ ahụ ọ ga-agụ n'obodo anyị ka ọ nọrọ ebe a gụba ya. E mechaa Chief Mberedeọgụ ga-akpọnye ya Onyema n'aka. Ndị ụmụnwanyị ga-enyekwa nwa D.C. nkata akwa na unere. A ga-ebukwara ya n'isi etu e siri buru ya n'isi bịa wee pụa, ebe Onyema ga-ebute akpa na ihe onyinye ndị enyere D.C.)*

**Chief Mberedeọgụ:** Ndị be anyị a na m ekele unu nile, tụmadị Odenigbo bụ onye wepụtara nwa ya wee nye n'aha m. Ụdị ihe a ka e ji ama onye bụ dike. Ọ bụrụ na anyị e dunyeghị nwa D.C. mmadụ, ọ gaara ị napụ m ikike wọrantị m. Ka anyị lebezie anya ihe echi ga-eweta n'ebe Onyema nọ. Ndewonu.

*(Mmadụ nile ga-ebili naba n'obi dị igbagwoju anya.)*

## NKEJI ABỤỌ

*(N'ụnọ Chief Nwosu)*

*(Chief Nwosu na oriakụ ya ga-anọrọ n'obi ya.)*

**Chief Nwosu:** Ekemma, e ji m n'aka na i chetara n'ọbụ taa, ka ndị ịchie ga-abịa maka okwu gbasara nwa agbọghọ a ga-edunye nwa D.C.

**Ekemma:** Nna anyị e chetara m ya. Kedụ ihe ọ bụ?

**Chief Nwosu:** Ihe m choro ikwu bụ n'ọdị mkpa ka m gosị ha Egondụ, wee kọkwaara ha etu o siri bata n'ezi na ụnọ a, ebe ọ bụ na rue ugbu a n'onwebeghị onye ndị obodo chọtara.

**Ekemma:** Nna anyị, ọ bụkwa gị na-ekwu ihe a? Kedụ ka i siri chee na o kwesiri ka ị kọọrọ ha etu Egondụ siri bata ebe a. Ị maghị na-ikọọrọ ha ya, na ozi nwere ike rue Ụmụọkpara maka na o nweghị onye maara etu mmiri si banye n'opi ụgbọgụrụ. Mgbe ahụ, ndị Ụmụọkpara e wee bịa sị n'anyị tọọrọ nwa ha.

**Chief Nwosu:** Ezi okwu ka i kwuru. A ga m arapụ ị ga kọba ogologo akụkọ.

*(Mgbe ha nọ na-ekwu ihe ndị a, ndị ichie azọchie.)*

**Chief Nwosu:** Anatara m ozi unu ziri na ndị obodo a achọtabeghị otu nwaagbọghọ anyị ga-edunye nwa D.C. Nke ka nke, unu wee kwue n'onweghị onye ọbụla kwere na-ọga edunye nwa ya. Ihe m na-ajụzi wee bụrụ, kedụ etu aga-esi kwọba ya bụ onye ukwu wara?

**Onye Ichie:** Ihe m na-eche bụ n'agwọ nọ na akịrịka. Aghụghọ dị n'ime ihe a nwa D.C. na-ekwu. Kama ị sa ọnụ gwa anyị, na ya chọrọ nwanyị a ga-akpọnye ya ọ ga-anụba, ọ sị ka anyị dunye ya onye ya ga-azụ ka ọ ghọọ dibịa Bekee. Unu anụbego ụdị akụkọ

a? N'ihi nke a, ka anyị ga-kpọta onye ara a nọ n'ahịa Nkwọ. Kedụ aha ya ahụ?

**Onye Ọzọ:** Ọ bụ Nwamgbeke?

**Onye Ichie:** Ọ bụ ya . . . Nwamgbeke. Anyị kpụta ya, anyị a kpụa ya isi, dozichaa ya, dunye ya nwa D.C. Ọ masị ya ya taba ya arụ, nke a abụghị okwu anyị.

**Chief Nwosu:** Ichie, okwu gị jurunọọ afọ, ma na ikunye enwe mmiri dị nso, ọ na bụzi, onye ga-anapụta iko ahụ? Alo ị tụrụ ka a ga-kpụta Nwamgbeke dị mma, ma Onye ga-aga hụ maka nke a?

**Onye Ọzọ:** Ọ bụrụ n'inweta Nwamgbeke siri ike, ka anyị tinye anya n'obodo ndị nile anyị na ha gbara agbata obi, chọba etu anyị ga-esi nweta nwaagbọghọ ọbụla isi na-ezughị oke.

**Chief Nwosu:** Ichie, ọzọ, ihe a unu na-ekwu ugbu a gbara m ghariị maka n'ọbụghị ihe m tụrụ anya ya site n'aka unu. Kedụ nke bụ na unu ga a nọrọ mmadụ mmadụ, ma na-esi mmụọ mmụọ? Ka m gwazie unu okwu. Unu maara n'eri amara ọkwa sị chọta nwa agbọghọ ga-eso nwa D.C. wee laa, n'oriakụ m bụ Ekemma tinyere isi ma n'ọhịa ma n'ụzọ wee chọta otu nwaagbọghọ.

**Ichie/Ọzọ:** Ezi okwu?

**Onye Ọzọ:** Odogwu nwanyị!

**Onye Ichie:** Biko ego ole ka ọ zụrụ ya, ka e si n'akpa ndị obodo anyị wee kwụghachi ya?

**Chief Nwosu:** Ọ bụ otu enyi anyị, mụ na ya bụ ahụghị ma erighị, dunyere anyị ada ya ebe ọ hụrụ na ọ bụ nanị otu nwa nwanyị ka m mụtara.

**Onye Ọzọ:** Ewo! Ị hụla ihe ahụ a na-ekwu n'okwu? – Mmadụ ị hụ ihe di n'uko elu, n'uko ala. Biko nwa ahụ ọ nọ nso? *(Chief Nwosu ga-akpọ Chinyere ka ya na Egondụ soro bịa. Ha ga a bata kelee ichie na ọzọ, wee banye kwa n'ụnọ.)*

**Chief Nwosu:** Unu ma ihe mere? N'abalị ụnyahụ ndị Chief nile gara hụ nwa D.C. na ugwu Nwaparị, o kwuru na ha enwetago onye nwoke ga-eso ya wee laa, bụ onye ọ ga-azụ n'ala Bekee. Ọ bụ nke a butere mụ na oriakụ m jiri gbasie mbọ ike ị hụ n'anyị chọtara onye nke anyị ga-edunye ya maka i ji gbanarị ihe ihere.

**Onye Ichie:** Chief, anyị a maghị ọnụ anyị ga-eji wee kelebe gị na oriakụ gị. Kama, anụ gbapụ taa, echi ka bụkwa nta. Unu e meela.

**Onye Ọzọ:** Kedụ ka a ga-esi dunye ya nwa D.C.?

**Chief Nwosu:** Ada m, oriaku m, na ụmụ nwanyị ndị ogbe a ga-edupụ ya n'ọdụ ụgbọ mmiri echi nile bụ ebe nwa D.C. ga-anọ nabata ya.

**Onye Ọzọ:** Ọ dị mma. Anyị ga-anaba. *(Ha abụọ ga-ana. Oriaku Chief a kpọrọ Egondụ bata.)*

**Chief Nwosu:** Egondụ, a ghọtara m n'Onyema nwanne gị ị na a maghị ebe ọ nọ n'ewutebe gị nke ọjọọ.

**Egondụ:** Ọ na-ewute m. Ọ bụ nanị ya bụ ihe na-enyebe m nsogbu.

**Chief Nwosu:** O nwego ndị na-ekwu na ha hụrụ onye ha na-eche na ọ ga a bụ Onyema. Echi ka ndị a ga-aga. Ị ga akwadō ka i soro ha maka i mata n'ọbụkwa Onyema.

**Egondụ:** *(Añụrị ga-eju ya obi.)*
Nna anyị, a ga m e so ha.
*(Egondụ ga-apụ)*

**Ekemma:** Ehe! Etu a anyị mere ya dị mma maka na-agwa ya na anyị na-ezipụ ya, obi nwere ike mapụ ya, ọ nwụ a.

**Chief Nwosu:** Unu ga-akwadobe. Echi, unu e duru ya wee gaba.

## NKEJI MBỤ

*(N'ụnọ Odenigbo)*

*(Iwunze na Nwandanda ga-abata. Onye ga-anabata ha bụ Ụgbọakụ.)*

**Odenigbo:** Nnọọnụ. Ọ bụ m kpọrọ unu. Ihe m jiri kpọọ unu bụ maka ị gwa unu n'achọrọ m ị nọ n'iru unu abụọ wee kee ekpe m.

**Nwandanda:** N'ụdị dị añaa?

**Iwunze:** Ọ bụ onye nọkata, o kebe ekpe? O nwere nsogbu dị?

**Odenigbo:** Nsogbu adighị kama na nwoke ma uche ya. Achọrọ m ka unu mata, na a bịa n'ime ụwa anyị nọ n'ime ya, n'onwekwaghị ihe ọbụla ọzọ mụnwa bụ Odenigbo nwere. Nanị ihe m nweziri bụ ego. Nwunye m mbụ bụ Nkụwịị anwụgo. Onyema e sobela nwa D.C. Egondụ, ọchụchọ ka a naachọ ya eri oge. Nwanyị mụ na ya bi bụ ide butere ihe Onyema na Egondụ jiri pụọ be Odenigbo. Adanne m jụa Iwunze, ọ ga-akọrọ gị n'ọbụ nwunye ya bụ onye na-enyebe Onyema na Egondụ erimeri, bụrụ etu Ụgbọakụ si a kwụba ha ọnụ. Ihe mere m jiri gba nkịtị eri oge, bụ na nwata e toghị eto wee jụba ihe gburu nna ya, ihe gburu nna ya e gbue ya.

**Ụgbọakụ:** *(Iwe ga e jide Ụgbọakụ)* Biko mmadụ a sịkwana na m amafee unu aka n'isi. Unu jikwa ntị unu anụ ihe Odenigbo na-agbọ n'ọnụ ya?

**Iwunze:** Ụgbọakụ, cheregodu ka anyị gechaa ọnụ mmiri okwu Odenigbo. Rapụ, ị ga-emechaa kwue ọnụ gị.

**Odenigbo:** Nanị nwa Ụgbọakụ ji bụ Ọjị. Ọjị n'onwe ya, Odenigbo ejighị ya n'aka. Ụbọchị nile ihe n'efube n'ụnọ a, nke m n'anaghị ama egbe na-ebu ya. Otu ihe na-agba m gharịị ọzọ bụ n'aha Ọjị na-ewu ewu n'obodo a bụ Ụmụọkpara. Chief Mberedeọgụ e zigo ozi ka ya na Obinna nwa ya kwụsị ị dị na-akpakwa. Ụbọchị ndị obodo na-achọ izigara nwa D.C. mmadụ, onye a rụrụ aka bụ Ọjị n'ihi ajọ omume ya. Ihe m jiri ghara ị kwado ha bụ ịhụnaanya m nwere n'ebe Ụgbọakụ nọ.

Otu ụbọchị, otu nwanyị bịara ebe a na-eyipụ Ọjị uwe ya, wee na-ekwu na Ọjị ji ya ụgwọ mmanya ọ ñụrụ.

N'iji weta okwu m n'isi njedebe, a na m ekwu n'onwekwaghị mmadụ nọ n'ụnọ Odenigbo taa.

**Ụgbọakụ:** Ihe masịrị gị ikwu, kwube ya. Ahụgo m na nke a abụrụla okwu onye ara.

**Odenigbo:** *(Odenigbo ga-eji iwe bilie imetụ Ụgbọakụ aka n'arụ, ma na Iwunze na Nwandanda ga-egbochi ya.)*

**Nwandanda:** Biko, wetuenụ obi. O nweghị ihe ọbụla ana-agaghị ama ka e mere ya.

**Odenigbo:** Otu ihe unu ga-arịọrọ m Ụgbọakụ bụ ka ọ ghara ime ihe ọbụla nwere ike mee ka m na-echeta Onyema na Egondụ, na kwa ka Ọjị kwụsị imekwa m ihe ọbụla nwere ike ịkpasu m iwe.

**Iwunze:** Ọ dị mma. Ụgbọakụ kedụ ihe ị chọrọ ikwu?

**Ụgbọakụ:** Ọ kwa unu hụrụ Ọjị nwa m? Ọjị a naghị ezu ori. Ọjị a naghị añụ mmanya. Ọjị a naghị apụ orirị. Ọjị

jụrụ oyi, jụkarịa ejula. Ihe a nile a na-ekwu, Ọjị mee nke a, Ọjị mee nke a; bụ nanị ebubo ụgha a na-ebo nwa nkịta wee na-eti ya ihe. O nwee ihe ọjọọ ọbụla Ọjị na-eme, ọ bụ site n'aka Onyema na Egondụ. Ọ na-ewuta m etu Odenigbo siri jiri ọnụ ya sị na Ọjị a bụghị nwa ya.

*(Ụgbọakụ ga-ebitụ Odenigbo aka.)*

Nna anyị, Odenigbo, ị sị na ọ bụghị gị mụrụ Ọjị? E bu m Ọjị n'afọ wee bịa be gị? Kedụ nke bụ na-ịgbazi aka nwa?

**Odenigbo:** Unu hụkwara ka Ụgbọakụ si e bitu m aka? Mgbe m na-ekwu nke m, ebitụrụ m ya aka?

**Ụgbọakụ:** Ọ na-ekwu n'ọbụ m chụpụrụ Onyema. Unu maara n'ọbụ Ọjị nwa m ka a gaara i zipụ, Onyema wee wepụta onwe ya? Arịnze Onyema. O woro m anya na ọ na-ewute Odenigbo etu Onyema siri wepụta onwe ya.

*(Mgbe ọ na-ekwu ihe ndị a, a ga-anụ ụzụ na mkpọtụ n'ezi. Ozigbo, ozigbo, mmadụ anọ ga-akpụrụ Ọjị na ozu ọkụkọ wee bata.)*

**Nevo:** Ndewonu. Aha m bụ Nevo onye Ụmụda. Nna anyị Odenigbo, otego aka Ọjị na-abịa egburi ọkụkọ be m. A sị, ụbọchị nile bụ nke onye ori, otu ụbọchị bụrụ nke onye nwe ụnọ. O gbute ọkụkọ, ya na Obinugwu nwa Akaha ana-eri ya.

**Oriakụ Nevo:** Nna anyị, nke a abụghị nke mbụ, nke ọ n'abụ nke abụọ. Ihe wutere anyị bụ na ọ na-egosị na ọ bụ ọkwa ka ya gbutere, n'ọbụghị ọkụkọ. Ọ bụ ya mere anyị jiri kpụrụ ya bịaba.

*(Ugbu a ọ ga-adị Ụgbọakụ ka ọ bụ ya daa mmiri.)*

**Odenigbo:** Biko, enyi m, nnọnụ. Ọjị, kedụ ije gị?

**Ọjị:** O nweghị. Ọ bụ ọnya m gburu ọkwa a. Ọ bụ ka m ji ya wee na-anata, ndị a wee bịa jide m sị na m zuru ọkụkọ.

*(Nwandanda na Iwunze ga-anara anụ ahụ, ị mata ka ọ bụ ọkụkọ ma ọ bụ ọkwa. Ha ga-achọpụta na ọ bụ ọkụkọ)*

**Iwunze:** Ọjị, ebee ka ị gbara ya bụ ọnya?

**Ọjị:** Em. . . . Em. . . . Ọ bụ na azụ ụnọ ndị a.

**Nwandanda:** Ọjị, gịnị bụ ihe a?

**Ọjị:** Nne, ọ bụ ọkwa.

**Nwandanda:** Ị sị n'ihe a bụ ọkwa?

**Ọjị:** Ọ dị ka ọkwa.

**Odenigbo:** Bikọ ụmụ nne m, a maara m ihe a na-eme onye ori. Kedụ ihe unu chere anyị ga-eme?

**Nevo:** Anyị a gagori na nke Chief Mberedeọgụ, bụ onye gwara anyị ka anyị ga-nweta ọnụ mmiri okwu gị. Anyị ga-anaghachi ga-kọọrọ ya n'anyị a hugo gị.

**Odenigbo:** Ọ dị mma. Biko nu. Wetuenu obi. Etu ọbụla o siri dị, anyị ga-amarịrị ihe anyị mere. A na m eso unu n'azụ ị ga hụ Chief.

*(Ihe a ga-eri Nwandanda, Ụgbọakụ, Odenigbo na Iwunze ọnụ)*

## NKEJI ABỤỌ

*(N'ụnọ Mberedeọgụ)*

*(Ndị ga-anọ n'ụnọ Chief Mberedeọgụ bụ ya na oriakụ ya na ndị ichie ya. Ha ga na-ekwu okwu wee na-arụtụ aka n'ụzọ kwesịrị nke ịji wee na-ekpochapụ ụfọdụ ndị so wee na-ete obodo Umuokpara ụnyị n'iru. Nwaobere oge, Odenigbo, Ụgbọakụ, Ọjị, Nwandanda na Iwunze ga-erute)*

**Chief Mberedeọgụ:** Ndị be anyị sị n'okwu a kpara akpa

na-eji isi ekwe ya. A sị n'ọbụ nani ire ka akpụ n'ọnụ mgbe na mgbe ọbụla, ọ ghara ị dị njọ. Ọ bụ okwu Ọjị ka anyị bịaara. Ekwube ekwube, a ga m asị n'okwu a e rijughị afọ maka n'ọbụ ihe gbara n'iru mmadụ niile. Nke ka nke bụ n'anyị amagoro ihe a na-eme onye mere ụdị ihe a.

**Ichie:** Ichie Meniru ka ọlụ a danyere n'aka ya. A na m atụ alo, ka a kpọrọ ya kpọgara Ichie Meniru bụ onye ga-egosị ya ihe ọkụ ji ntị oke eme, mere ọ ga-eji wee kwụsị i mekwa ụdị ihe a ọzọ.

**Odenigbo:** Nna anyị, biko, otu ihe m na-arịọ bụ ka a ghara igbu ya bụ mma n'ụdị etu e siri wee bunie aka elu. Ọjị a unu na-ekiri bụ otu mkpụrụ anya ji isi ụgwọ. Biko lekwanụ ikpere m n'ala. Unu dọọ ya aka na ntị, ọ bụkwa ọlụ m ịdọkwa ya nke m, ma anyị rue ụnọ. Arịrịọ ka m nọ n'ime ya.

**Chief Mberedeọgụ:** Ndị be anyị, a sị na awọ a naghị agba ọsọ ehihie na nkịtị. Ka anyị jiri anya okenye ji ahụ ihe wee tinye n'okwu a. Ọjị, ị mago ihe i mere?

**Ọjị:** *(Ọjị ga-ebido ibe akwa na ị rịọ mgbaghara.)*

**Chief Mberedeọgụ:** Ndị kwuru okwu sị na mmanya hụ onye o maara, ọ gbajuo. A na-ekwukwa n'iru dike na anyụ mma nkọ. A ga-ata Ọjị nwaobere ahụhụ nke ọ ga-eji mata na ihe o mere jọrọ njọ. Ụbọchị ọzọ, a ga-anwụde ya n'ụdị omume a . . . Em . . .

**Odenigbo:** Biko, ụmụnne m ekelee m unu. Okwu dịba otu a.

*(Ha nile ga-apụ, ebe ndị odibo Chief ga a kpụrụ Ọjị kpụba n'ime ụnọ)*

## NKEJI ATỌ

*(N'ogige ọgbakọ ndị obodo Chief Nwosu)*

*(Nwayọọ, nwayọọ, ndị obodo ga na-erute n'ogige ọgbakọ ha. Ha ga a nọrọ wee na-echere Chief Nwosu. Ọ gaghị ete aka, ndị oje ozi Chief Nwosu e duru ya biarue.)*

**Chief Nwosu:** Ndị be anyị mma mma nụ. Ihe m jiri kpọọ unu n'ụtụtụ a bụ maka i ji kelee ndị nile gbara mbọ wee bịa sonye n'idupụ Egondụ, bụ nwatakịrị ahụ anyị kpọnyere nwa D.C. Nke ọzọ wee bụrụ ị gwa unu na Egondụ erugo ya bụ ala Bekee n'ezie. Nke a gosịrị anyị ugbu a n'ihe ahụ nwa D.C. na-ekwu bụ ezi okwu. Nke a bụ akwụkwọ nwa D.C. dere. Nke ọzọ a bụ ebe e sere onyinyo ya na Egondụ.

*(Chief Nwosu ga-egosi ha onyinyo ahụ. Nke a ga-agba ma onye elu ma onye ala gharịị maka na nke a bụ mbụ ha na ahụ ụdị ihe a. Nke ka nke wee bụrụ na ọ ga-abụ ezi okwu na nwa D.C. ga-azụ nwatakịrị ahụ, nke isi ya bụ n'ọbụghị aghụghọ ka ọ ji. Onye ọkọwa okwu ga-ebido gụpụtara ha ya bụ akwụkwọ si n'aka nwa D.C.)*

**Court Clerk William:** 'Egondu and I arrived London safely.' Mụ na Egondụ rutere London n'udo. 'She is now a student of Medicine in one of the schools here.'

Egondụ abanyela ị gụ akwụkwọ ebe ọ ga-anọ wee mụ ihe gbasara ọlụ arụ ike.

'I seize this opportunity to express my

gratitude to all of you, especially Chief Nwosu for the co-operation given to me during my tenure of office in your area.'

Aga m e ji oge ugbu a wee kele unu nile, tụmadị Chief Nwosu, n'etu unu siri wee na-akwado m mgbe nile m biri n'ala unu. Jidenu ka unu ji.

**Otu Nwoke:** Court Clerk, ihe a nile ị sị na ị na-agụrụ anyị, e cheghị m n'otu mkpụrụ ezi okwu dị n'ime ya. Ọ bụ onye gara hụ n'anya? Akwụkwọ ọ na-ekwu okwu?

**Otu Nwanyị:** Ihe mere bụ na a dịghị aru onye gburu agụ ukà. Ihe woro m anya bụ na-erego ya bụ nwata, jiri ego ya gboro mkpa.

**Nwoke Ọzọ:** Anyị ga-agbachi nkịtị, maka a naghị e kpudo afọ ime aka. Ọnwụ e gbughị ji eji chụ aja, ọ ga emechaa puo ome. Ka anyị lebe anya, tupu afọ ise ahụ a gwara anyị, anyị ga-ahụ ezi okwu dị n'okwu a.

*(Court Clerk ga-agba mbọ n'igosi ndị obodo n'ihe ahụ e dere n'akwụkwọ bụ ezi okwu. Ọ ga-agụputakwa, ma nke dị n'ime akwụkwọ ma nke n'adịghị n'ime ya.)*

**Court Clerk William:** 'See that you give interpreter William a goat, two baskets of eggs, a pot of palm oil and ten yams monthly.'

Gekwanụ ntị o. Ọ sị n'unu ga-agba mbọ hụ n'unu na-enye mụnwa bụ Court Clerk William, onye ọkọwa okwu, etu ewu, nkata akwa abụọ, otu ite mmanụ na nnukwu mba ji iri kwa ọnwa.

*(Ugbu a ndị mmadụ ga-ebido tamuba.)*

**Court Clerk** Kedụ ihe unu na-emere ihe a? Ihe a

**William:** bụ ihe m gụpụtara n'akwụkwọ. Onye chee n'ọbụghị ezi okwu, ya bịa were gụa. Biko, a chọkwaghị m ka ụnu mebere m dibịa ụnọ, a na-esiri ji mbana.

*(Nsogbu na ọgba-aghara ga-esu nke ufọdụ ndị ga-eji jiri iwe na-apụ.)*

**Chief Nwosu:** Ebe ihe dị otu a, onye ọbụla nwere ike naba. Echi, ndị ichie nile ga-abịa ka anyị tinye ọnụ n'okwu a.

*(Onye ọbụla ga-apụ)*

## NKEJI ANỌ

*(N'ụnọ Odenigbo)*

*(Odenigbo ga-anọ na oke obi nwute mgbe Ụgbọakụ ga-abata.)*

**Ụgbọakụ:** Nna anyi biko, o nwee ihe ọbụla mụnwa bụ Ụgbọakụ mere gị, chezọọ ya. Biko, lee ikpere m n'ala. Ị hụla Ọjị nwa gị, ọ bụrụ na-egbụọ ya taa, mụ na gị aghọọ ndị gba aka nwa. Ọnọdụ anyị ga-aghọ nke mmadụ ịkwọcha aka, wee tiere ọkụkọ akụ.

**Odenigbo:** Oho! Ọ bụ ugbu a ka Ọjị ghọrọ Ọjị nwa m? Ọ bụkwaghị nwa gị etu isi ekwube eri oge mmadụ na-amaghị na ọ na-eme aka abụọ.

**Ụgbọaku:** Biko rapụbazie nu. Ezi okwu m nile, o nweghị mgbe m jiri mata n'Ọjị nwere ụzọ o jiri rie mperi n'abụghị ụbochị a akpụọrọ ya bịa ebe a. Biko aririọ a ga-arịọ Chief Mberedeọgụ bụ ka ọ gbaghara Ọjị n'ihe a omere. Anyị ga-ekwekwa nkwa ịhụ n'ọgaghị emekwa ihe ọbụla ọzọ ga-eme ka a kpọọ ya ajọ aha.

**Odenigbo:** I kwela ugbu a n'Ọjị a bụghị ezigbo nwa?

**Ụgbọakụ:** Nna anyị . . .
Ihe mere bụ na oge dị nke ọma iji wee mee ka Ọjị bụrụ ezigbo nwa. Tata bụ gboo. Anyị ga-ebido nyebe Ọjị ụdị ózụzụ ọ ga-eji wee kpazie agwa maka na nwata anaghị akarị ndị mụrụ ya. O nweghị mgbe ukwu ose ji akarị onye kụrụ ya.

**Odenigbo:** Nsogbu adighị, kama ọ na-adị mma ka ikukụ kue ka ahụ ike okụkọ; ọ na-abụ agbesị gbaa otule, ọ mụrụ akọ. Ọjị sị na ya enweghị uche, ọ ga-eji ihe a mere, wee nwee uche. Ihe mere bụ n'amaghị m otu m ga-esi dobe ọnụ, wee gwa ya okwu.
*(Ugbu a ka Iwunze na Nwandanda ga-abịa maka i so ga rịọ Chief Mberedeọgu aririọ. Tupu ha ana-anọdụ ala, oje ozi Chief Mberedeọgu ga-abịa.)*

**Ibe:** Nna anyị, ọ bụ Chief sị ka m bịa zie gị ozi.

**Odenigbo:** Biko, ọ sị na ọ bụ gịnị?

**Ibe:** Ọ sị ka m bịa gwa gị na ndị Ọjị zuere ọkụkọ ha, zitere ozi wee kwue ka agbaghara Ọjị n'ori a ozuru, kama sị dọsie ya aka ike na ntị.

**Odenigbo:** Oho, daalụ. Gwa ya n'ozi ahụ erugọ m ntị. Eme-chaa a ga m abịa hụ ya.
*(Ibe ga-apụ, ebe Iwunze, Nwandanda, Odenigbo na Ụgbọakụ ga-ebido kọwa obi añụrị ha nwere na etu ha ga-eji ga-kelee Chief Mberedeọgu.)*

**Odenigbo:** O nwerenọọ otu nrọ m rọrọ n'abilị boro unyahụ. Ya bụ nrọ riri m ọnụ.

**Nwandanda:** Kedụ mgbe i jiri ghọọ ọrọ nrọ?

**Odenigbo:** Ọ bụghị nke etu ahụ. Unu ma ihe mere? O rue n'ụtụtụ taata, otu nwoke yi ụdị ekike m n'ahụbeghị wee bịa ebe a. Nwoke a jiri ihe dị ka enyo wee kpudo na egedege iru ya nke mere o jiri dị ka o nwere anya anọ.

**Nwandanda:** Ọ sị na ya si ebee?

**Iwunze:** I chere na ọ bụghị ndị mmụọ?

**Odenigbo:** E cheghị m n'ọbụ ndị mmụọ maka ọ na-asị n'ọbụ Court Clerk zitere ya. Kama otu ihe mere bụ na ọ na-ekwu n'imi n'imi. Nke ka nke bụ na ọ nweghị mkpụrụ ụkwụ.

**Ụgbọakụ:** Ọ kwa ihe anyị hụrụ. Ọfọdụrụ nwa obere ihe ka anyị meripụ ọsọ. Ozigbo ọ bịara, o wepụta akwụkwọ nke ọ sị na Onyema dere.

**Nwandanda:** Ekwukwala ihe a!

**Iwunze:** Ihe a, ọ bụ n'ihe, ka ọ bụ na nrọ?

**Odenigbo:** A na m agwa gị agwala mmadụ? Ọ sị n'ihe akwụkwọ ahụ na-ekwu bụ na Onyema na Egondụ ejekọtala n'ala Bekee.

**Nwandanda:** Ọ bụ ka osiri me?

**Odenigbo:** Lee ya bụ akwụkwọ. O kwuru n'ime ya n'Egondụ gbara ọsọ gbagara be Chief Nwosu nke Ụmụdara, bụ ebe ọ nọrọ wee dunye ya nwa D.C. n'oge nwa D.C. na-ana wee chọọ ka ndị obodo ahụ dunye ya otu nwa agbọghọ ọ ga-azụrụ ha.

*(Nwandanda ga-ebili ọtọ, gbaba egwu iji kelee ala nna ha bu onye na-edu umuaka a.)*

**Odenigbo:** Eri oge ahụ, añụri wee bido na-egbu m ka mmanya. Ihe mere bụ n'anyị ga aga hụ Chief Nwosu ahụ, kelee ya dị ka Onyema siri kwue.

**Iwunze:** Echị anyị ga-aga.

**Odenigbo:** Ọ dị mma otu a. Obi añụrị ọzọ m nwere wee bụrụ n'arụ dị ha abụọ mma.

**Nwandanda:** Kedụ aha obodo nke ọ nọ ña ya anọ?

**Odenigbo:** Ọ bụ otu obodo ka ọ bụ abụọ? Ọ sị na ha na-aga obodo dị iche iche. Ọ sị na ha agaala Yọsinkam, Yọshịkaya, London, na Họlintịn.

**Nwandanda:** Ezi okwu! Echi a ga m apụta ka anyị gaa jee hụ Chief Nwosu.

Emume Asatọ

## NKEJI MBỤ

*(N'unọ Chief Nwosu)*

*(Chief Nwosu ga-anọ n'obi nwute site n'akwụkwọ Egondụ detaara ya, wee na ekele ya na-akọrọ ya ihe bạnyere ndụ ya n'ala Bekee. Ekemma ga-abịakwa na-egosị obi nwute ya, na-akwa akwa alịlị nke ha ji egosi n'obụrụ na ha maara, n'obụ Chinyere nwa ha ka ha gaara ị kpọnye nwa D.C. Mgbe ha nọ n'obi nwute a, ndị Ichie ga-abata.)*

**Onye Ọzọ:** Ọ dịkwa mma?

**Chief Nwosu:** Ndị ichie nnọọnụ. Ọ bụ m ziri unu bịa.

**Onye Ọzọ:** Ọ dịkwa mma?

**Chief Nwosu:** Nke a bụ akwụkwọ Egondụ si ala Bekee wee zite.

*(Okwu a ga-agbagwọju ichie na ọzọ anya nke ọjọọ.)*

**Onye Ichie:** Biko, bidogodu n'isi. Ị sị na gịnị mere?

**Chief Nwosu:** Anyị natara akwụkwọ si n'aka Egondụ nke ọ na-ekwu n'ime ya na ya ahụla Onyema nwanne ya n'ala Bekee. O kwukwara na mgbe oge nnata ha rubere, na ya ga-ana obodo ha bụ Ụmụọkpara tupu ya a na-erute ebe a.

**Ekemma:** *(Iru Ekemma ga-egosi nnukwu obi iru uju.)* Ichie, ọ bụkwa ihe anyị na-anụ o . . .

**Chief Nwosu:** Ihe a mere egosịla m n'ụwa a anyị nọ n'ime ya dị omimi. A ga-asị na anyị maara, ọ bụghị Chinyere nwa m ka anyị gaara iziga? Em . . . ya dịba.

*(Mgbe ha nọ n'ime okwu a, Odenigbo, Iwunze na Nwandanda ga-eburu mmanya wee bịa, wee kọwaa ndị ha bụ.)*

**Nwandanda:** Nna anyị, anyị natara ozi na ọ bụ be gị

ka Egondụ nwa anyị gbanatara n'ime ọnwa ole na ole gara aga, o jiri ghọọ onye a na-achọ achọ.

**Chief Nwosu:** Ọ bụ ka omere.

**Nwandanda:** Anyị ghọtara na ọ bụ gị bụ onye kpọnyere ya nwa D.C.

**Onye Ichie:** Anyị anatago otu ọmalịcha akwụkwọ o si ala Bekee wee zite.

**Nwandanda:** Ọ dị mma. Ihe mere bụ na o jughị anyị ezigbo afọ etu nwatakịrị dị otu ahụ gaeji gbanata be onye Chief dị ka gị, kama ịchọ ụzọ wee kpọghachi ya azụ ebe o siri bịa, i wee duru ya dunye nwa D.C. na-ana ezumike nka. Anyị e nweghị ọnụ okwu ọ bụla rue n'anyị ejiri anya anyị hụ Egondụ ọzọ.

**Iwunze:** Nna anyị, nwa Amadị n'amaghị okwu sị na onye mbụ kwuru okwu e kwugo ihe ya gara ikwu. Ọ bụ otu ihe ahụ. Ihe adanne m kwuru, ka mụnwa bụ Iwunze na-ekwu. Etu ọbụla o siri dị, anyị bịara ka anyị kelee gị dị ka Egondụ siri de n'ime akwụkwọ o zitere anyị. Ihe ọzọ bụ na Chineke mee ebere, ihe a nile o dere burụ ezi okwu, ị mara na ọ ga-adịrị anyị nile mma; ụzọ anyị na unu a burụ ụzọ mmiri ma ọ dịghị otu ahụ, ị mara n'Egondụ bụ n'aka gị ka ọnọrịrị.

**Odenigbo:** Biko, Chief ewekwala iwe n'okwu nile ndị a. Ọ bụ ka ya bụ nwatakịrị siri burụ ezigbo nwa butere nke a.
Lee, nke a bụ mmanya anyị jiri wee kuchi aka maka anaghị agba aka ahụ nwata eze.

*(Chief Nwosu ga-ekele ha, wee kpọọ Ibe ka okebe mmanya.)*

**Chief Nwosu:** Nnọọnụ. Nnọọnụ. Biko, a ga m asị na ọ gbara m gharịị n'ụdị etu unu siri dobe ọnụ n'okwu a gbasara Egondụ. Kama unu ga-enyebe m ekele, etu m siri zipụ ya ọzụzụ, o wee bụrụ ịtaba m ụta. Etu ọbụla o siri dị, ihe anyị ga naekpe ekpere ya bụ ka ụgba dikwa ka isi ya. Ka anyị rịọba ka Chineke megodu ebere ka nwatakịrị a jiri ndụ nata.

**Ekemma:** Ndị be anyị nnọọnụ. Ezi okwu m nile, n'oge anyị na-ezipụ Egondụ, o nweghị ihe ọjọọ ọbụla anyị bu n'obi. Ànyị gaara izipụ ada anyị bụ Chinyere ma ana-asị n'onye otu anya ji isi ụgwọ. Nanị otu nwa ahụ ka anyị ji. Ya bụ, mmadụ ewela iwe.

**Odenigbo:** Ka anyị rapụ utọ nkwụ, ñụbagodu ihe nkwụ gbatara. Ndị kwuru okwu sị n'ehi enweghị ọdụdụ, ọ bụ chi ya naachụrụ ya ijiji. O nweghị onye maara echi. Ya bụ ka anyị kwụsị ichekwa oke echiche banyere ụmụaka ndị a Onyema na Egondụ, maka na chi nwa ogbenye na-edu ya.

*(Ndị a nile ga-ana ma ha ñuchaa mmanya Odenigbo butere)*

## NKEJI ABỤỌ

*(N'ụnọ Odenigbo)*

*(Ụgbọakụ ga-anọ na-akwa ụwa ya. Ọ ga-anọ n'ime ọnọdụ ahụ mgbe nwanne ya nwanyị bụ Ugodie ga-erute, hụ ya ebe ọ nọ na-ebe akwa.)*

**Ugodie:** A gwala m gị, ka ị kwụsị igbukwa onwe gị, na nkịtị. Otu ihe ị ga-asị na m gwara gị, bụ ka i were okwute tinye n'obi. Wepụ obi gị n'ebe Onyema na

Egondụ nọ.

**Ụgbọakụ:** Ihe ihe a ji e gbu m mgbu n'obi nke ọjọọ bụ na Ọjị nwa m ka a gara iziga, m wee jụ. Anyị ga-eweziri Onyema dị ka onye amụma, butere o jiri wepụta onwe ya wee sobe nwa D.C.?

Kama n'ihe mere bụ na-ekwebeghị m n'ihe a nile a sị na-edere n'akwụkwọ nwere nke bụ ezi okwu. Akwụkwọ o nwere nke bụ ezi okwu? Akwukwọ ọ na-ekwu okwu?

**Ugodie:** Ihe ị ga-aghọta bụ n'anyị ga elebe anya, ka anyị hụgodu n'ezie, na sịrị sịrị sịrị nile ndị a bụ ezi okwu.

**Ụgbọakụ:** I chere na m nwere ike dịrị ndụ wee na-ekiri Onyema ebe ọ ghọrọ oke ozu n'obodo a, wee na-ekirikwa Egondụ, ebe ọ ghọrọ dibịa Bekee, ebe Ọ jị mwa m ga-anọ na-ete nkwụ?

**Ugodie:** O nweghị ihe anya hụrụ gbaba ọbara. Anyị ga-anọ ndụ hụ ihe ọbụla ga-adapụta.

*(Ugbu a Iwunze, ndị ichie, Nwandanda ga-erute. Ozigbo ha na-atu ukwu, ekwe ga-ada.)*

**Onye Ichie:** Ndị be anyị, unu ahụgo n'ekwe adaala, nke n'onwekwaghị ihe jizi nkịta ọnwu. Taata ka anyị ga-amata ezi okwu dị n'ime ihe a na-ekwu eri oge.

**Odenigbo:** Ihe mere bụ anyị rue n'ama, ebe ọ bụ na Court Clerk agabago maka izute Onyema na Egondụ, ihe anyị hụziri, anyị ewere. Ọ bụrụ ọzụ ha ka e butara anyị ahụ.

**Iwunze:** Ngwanụ, ka anyị gaba agaba, ka anyị ghara ị nọ na ntịcha ute, chi efoo.

*(Ha nile ga-ebili, wee gaba n'ama obodo ha.)*

## NKEJI ATỌ

*(N'ogige ogbakọ ndị Umuọkpara.)*

*(Ndị obodo, bido n'umụaka, rue n'okenye ga na-abata na ya bụ ogige, nke akwadochara nke ọma. Odenigbo na ndị be ya ga-erutekwa. E mechaa Chief Mberedeọgụ na ndị nke ya ga-erute. Ndị egwu ga-anọkwa na-eti egwu.)*

**Chief Mberedeọgụ:** Ndị be anyị mma mma nụ. Nụanụ! Rienu! Em, ya bụ ụbọchị akara aka, e ruela. Court Clerk a gabala n'ikpere mmiri maka i zute Onyema na Egondụ.

*(Mgbe ọ na-ekwu nke a, Court Clerk ga-abịa, gwa ha n'Onyema na Egondụ erutela n'ikpere mmiri, na ha so ya n'azụ ya ugbu a. Ozigbo ahụ, lekwa Onyema na Egondụ, ebe ha nọ n'ụdị ekike ndị Bekee. Ụzụ ga-atụ elu na ala. Mmadụ nile ga na-achọ iti ha obi na ikwe ha n'aka. Egwu ga na-adakwa ihe ọ datara. Court Clerk ga-egbokwa ụzụ, wee gwa ndị obodo ka ha gee ntị, ị nụrụ ihe akwụkwọ nwa D.C. zitere na-ekwu.)*

**Court Clerk William:** Nke a bụ akwụkwọ nke nwa D.C. nabagoro ezumike nka zitere.

'Obi tọrọ m ụtọ ime ka unu mata, na Onyema na Egondụ enwetala ọzụzụ ha n'isi njedebe. Onyema ga-anọchizi anya m dị ka onye isi ọchịchị obodo unu, bụ nwa D.C. Egondụ abụrụla onye chizuru echizu dị ka dibịa Bekee. Ọ gaghị ete aka mgbe ọ ga-emepe ụlọ ọgwụ n'obodo unu. N'ime afọ a n'abịa, ka m ga-erute obodo unu, ị hụ

etu unu si aga n'iru. Ekele dịrị unu nile.'

*(Ndị obodo ga-eji obi añụri wee kụa aka maka iji gosi etu obi ha siri dị. A ga-ahụkwa Egondụ ebe ọ nọ wee na-edozịcha ụmụ obere ụmụaka nọ na ya bụ ọgbakọ, na-enyekwa ha ihe onyinye dị iche iche dị ka achịcha Bekee.)*

**Onyema:** Ndị be anyị e kelee m unu. Obi dị m ụtọ ịhụkwa unu iru n'iru ọzọ. Ezi okwu, a maghị m n'ihe nwere ike dị etu ọ dị taata n'ebe m nọ, n'ihi n'ụbọchị m na-arapụ Ụmụọkpara, ihe a gwara m bụ na n'onwere ibu nwa D.C. achọrọ ka m bue. Etu ọbụla o siri dị, o wee dịzia ka ị nọ na nkute ụtaba wee banye n'ọdụ ji.

E mechara m wee gaa mba dị iche iche, dị ka Washington, Yorkshire, London, Ireland na ọtụtụ obodo ndị ọzọ unu na-anụbeghị. Ebe mụ na Egondụ nọrọ wee zute bụ na Yorkshire. Ụbọchị ahụ, ọ dị egwu maka na o nweghị anyị abụọ rọgoro nrọ nke ị hụkwa ọzọ na ndụ n'ụwa a, ma ya bụrụ nke ị hụ n'ala Bekee.

Ugbu a m bụzị nwa D.C. obodo anyị, a na m ekwe nkwa ị hụ na m na-echedota ndụ na akụ na ụba nke onye ọbụla.

Ọ bụrụ na Chief Nwosu maara n'ụbọchị gaara ị dị otu a, ọ gaara izipụ ada ya, ma n'ọmaghị. Etu ọbula o siri dị, ekele dịrị Chineke n'ọlụ ebube a ọ lụrụ n'ebe anyị nọ. Ndewonu.

*(Onye ọbụla ga-esonye n'igba egwu. Odenigbo ga-emerụ arụ n'ụkwụ mgbe ọ*

*gbakatara egwu. Egondụ ga-ejikwa ọsọ wee ga mee ya ọgwụ.*

*A ga-ahụkwa Onyema na Egondụ ebe ha na-ebunye Ọji akpa ebe ọ ga-esi chipụta ezigbo uwe ọ ga-eji bịa na ya bụ ọgbakọ n'ihi na ihe Ọji yi dị ajọ nkịrịka. A ga-emechakwaa hụ ya ebe o yi uwe ọhụrụ ahụ.)*

**Chief Mberedeọgụ:** Ndị be anyị, ya bụ kpọrọkpọtọ a gbaala n'iru ehi. Onye ọbụla e jigoro anya ya wee hụ ya bụ ihe anyị na-anụ na ntị eri nwa mgbe gara aga. Ekele dịrị Chineke. Otu nkwa m na-ekwe D.C. Onyema bụ na mụ na ndị obodo m nile ga-enwe nsọpụrụ na irube isi n'enweghị ntụpọ n'ebe ọnọ. O nweghị nke mmadụ ọbụla i mebere ya dibịa ụnọ a na-ewuru ji mbana, maka na-asị n'azụ a maara onye gburu, a naghị atụ ofe. Etu anyị si were nwa D.C. nara ana, bụ etu anyị ga-esi nara D.C. Onyema. E kelee m unu.

**Odenigbo:** Ndị be anyị mma mma nụ. Rienu! Nụanụ! Mụanụ! Zụanụ! Enweghị m ọnụ okwu. Nanị ihe m maara bụ n'onye chi ya na-egbubeghị a naghị anwụnyụ anya. Nke ka nke bụ na-ekwuru n'ọbụrụ n'ọnwụ egbughị ji e jiri chụa aja, o mechaa o puo ome. Ọ bu ihe mere n'ebe Onyema na Egondụ no. Ọ bụrụ na-agbasaa, onye ọbụla rute be m. Ndewonu.

*(Egwu ga na-adakwa. Onye ọbụla ana-agba etu o mụtara rue n'ike agwụ ya. Mgbe ahụ, a ga-ama ọkwa na Onyema na Egondụ ga-ana maka izuru ike.)*

NGWỤCHA YA